# 6 ỊHỤ NWATA EZE

A naghị agba aka ahụ nwata eze n'ọnụ. Nke a bụ ilu ndị Igbo na–atụ. Ilu a kọwara onwe ya, na–ezipụtakwa na onye izizi hụrụ nwata eze n'ọnụ ya mgbe ọ pupụtara ha, ma kwupụtakwa, ga–enyeriri nwata ahụ onyinye.

Nwata a mụrụ ọhụụ anaghị epu eze n'ọnụ. Nwata ọ bụla buru eze n'ọnụ pụta ụwa mere arụ n'ala Igbo. A ga–atụfu ya atụfu n'oge gboo n'ebe ụfọdụ, ma chọtakwa onye Nri na–akpụ arụ ọ bịa kpụchapụ arụ dị otu ahụ.

N'otu aka ahụ nwata ga–epu eze anaghị ebu ụzọ puo eze elu. Ndị Igbo wekwara ya ka ihe ọjọọ. Onye ahụ mekwara arụ. A na–asị na mmadụ rụrụ ala puo eze elu, mgbe mmadụ mere nnukwu ihe ala na–asọ nsọ.

Nwata a mụrụ ọhụụ na–enwe nlekọta anya nke ukwu, nke ga–eme ka ọ na–eto nke ọma. Ụmụaka a mụrụ ọhụụ na–epu eze na mgbe dị iche iche. Ụmụaka abụọ ma ọ bụ atọ a mụrụ otu ụbọchị agaghị epucha eze otu mgbe. Ụfọdụ na–epu n'ọnwa asaa, ndị ọzọ n'ọnwa asatọ, ụfọdụ n'iri. Ndị ọzọ na–eru otu afọ na ụma.

Mgbe nwata kwadoro ipu eze o nwere ihe arịma mma ọ ga na–emegasị nke ga–egosị nne ya na nwa ahụ na–akwado ipu eze. Mana ọ bụrụ na nne ya bụ onye na–ebido ịtụ ime ọhụụ, o nwere ike ọ gaghị amatasị ihe opi na–afụ. Ọ gaghị ama na ọta akwụ akapịba ọnụ nwere ihe ọ na–ekwu.

Ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ bụ na afọ na–ebido saba nwata ahụ. A na–akpọ ya afọ eze n'akụkụ dị iche iche. Ụfọdụ na–akpọ ya afọ igbi. Mgbe nile igbi ma ọ bụ anyị ga na–akọ nwata ahụ ọkọ. Ọ ga–eji egbugbe ọnụ ya na–amị igbi ya nke ga na–eme mkpọtụ. Mgbe ụfọdụ, nwata ahụ ana–echi azụ aka ya n'ọnụ ya na–ebekwa akwa.

Ochie nwanyị ga–amatacha ihe ihe ndị a putara. Ọ ga–ejikere mara na nwata ahụ ejikerela ipu eze. Anya ga–abụkwa ya ọwa.

Omenala Igbo na–ezipụta na onye izizi hụrụ nwata eze n'ọnụ kwupụta ga–enyeriri ya ihe o jiri hụ ya eze n'ọnụ. Ya mere e ji atụ ilu sị na a naghị agba aka ahụ nwata eze n'ọnụ. Ndị ezi na ụlọ nwata ga–agbalisị ike ịhụ na ha ekwupụtaghị na nwa ahụ epuola eze. Onye ọ bụla ga–etinye ire ya n'ọbọ. A ga–adọ ụmụaka aka na ntị ka ha ghara ikwu. A ga na–achọ onye ọ ga–apụ n'ọnụ ka onye ahụ bụlaa. Onye hụrụ nwata eze n'ọnụ, mee anya ka ya ahụghị ya adaghị iwu ọ bụla.

Mgbe nwata a chịpụtara eze mbụ abụọ n'ọnụ ya, nne mụ ya ga–agbazi mbọ na–ekunye ya mmadụ ugboro ugboro ka e wee mara onye ọ ga–esi n'ọnụ ya pụta. Ma ọ bụrụ na o kunyeghị ya mmadụ o nwere ike o kuru ya n'onwe ya ọ na–awụ ya egwu, na–emesa ya ihe ọchị ebe mmadụ nọ ka nwata ahụ na–emeghe ọnụ ya. Site n'ụzọ dị otu a ihe dị abụọ otu aghaghị imenụ.

Mgbe nwata ahụ chịara ọchị mkpụrụ eze ya ekewapụ jaaa. O nwere ike otu onye ire mmiri ọkụ hụrụ ya, ọ kacha na ụmụ nwanyị, etie mkpu sị, 'Heee nwa a epuola eze'.

Ụka agwụla. Ihe a na–achọ n'uko elu a hụla ya n'uko ala. Nne nwata ahụ, ntị ya na–adịzi nkọ mgbe ọ bụla, etie, 'Aaa, ị sị na o puola eze? Eziokwu o.' Onye ahụ ga–amata ozugbo na agbụ ji mbe, na ya bụ onye izizi na–ahụ eze nwata ahụ.

Ọ ga–emenụ ka e si eme n'ịhụ nwata eze n'ọnụ n'obodo dị iche iche. N'ebe ụfọdụ a naghị ewe ya ka oke ihe pụrụ iche. Onye hụrụ nwata eze n'ọnụ na–enye ya ihe masịrị ya. O nwere ike bụrụ ego, uwe, ọkụkọ ma ọ bụ onyinye ọzọ onye ahụ chepụtara n'uche ya ga–adị ya mma. N'akụkụ Nnewi, Ihiala, Ọzụbụlụ, Nneobi a naghị emere ya emume pụrụ iche. Onye ahụ na–ewere ego nye nwata ahụ.

N'ebe ụfọdụ ọ na–abụ nnukwu oke ihe omenala nke bụ na ha nwere nkwenye gbara gharịị gbasara ya. Ha na–eche na onye hụrụ nwata eze n'ọnụ emereghị ya ka e si eme, nwata ahụ ga–abanye n'oke nrịanrịa ahụ. Mgbe ihe dị otu ahụ mere a ga–agba mbọ chọpụta site n'aka dibịa ihe a ga–eme. A ga–eme omerịa werezie ọkụkọ nye nwata ahụ ga–anọchiri ya anya ọkụkọ ihụ eze n'ọnụ.

Nke ọzọ otutu ndị mmadụ nwekwara nkwenye na ọ bụrụ na a jaghị nwata eze mgbe a hụrụ ya eze, nwata ahụ ga na–ata nne ya arụ n'ara mgbe ọ na–añụ ara. Mgbe ụfọdụ nke a abụsighị eziokwu n'ihi na onye a jara eze na–ata nne ya arụ n'ara, ndị a jaghị eze a naghị ata.

Ọ bụ ụmụ nwanyị na–ahụkarị nwata eze n'ọnụ n'ihi na ọ bụ ha ka enwe mmekọrịta karịá ụmụ nwoke n'ebe ụmụaka a mụrụ ọhụụ nọ.

## Emume mgbe a hụrụ nwata eze n'ala Igbo

Ọ bụrụ na nwata puo eze, onye mbụ na–ama bụ nne ya. Nke a bụ ihe mere eme n'ihi nne na nwa na–enwe mmekọrịta karịa onye ọ bụla. Nke ọzọ ọ bụ nne na–elerukwa anya karịchaa onye ọ bụla.

N'akụkụ Ọlụ, Agụata, Nkwere na Mgbidi, nne nwa ahụ ga–ekujere nwa ahụ onye ọ chọrọ ka ọhụ ya eze. Mgbe onye ahụ ku nwa, nne ya ga–agwa ya na ya amaghị ihe na–eme nwa ya n'ọnụ. Mgbe onye ahụ na–achọ ịmara ihe mere, ọ ga–ahụ eze nwa ahụ. Mgbe ahụ ọ ga–eti mkpu otu a sị, 'Nwatakịrị a epuela eze. Eriela m. Ihe ọma m'. Onye ahụ ga–enye nwa ahụ otu nnekwu ọkụkọ. Ma ọ bụrụ na o nweghị ọkụkụ mgbe ahụ, ọ ga–ekwe nkwa inye ya mgbe ọ zụtara. Nwata ahụ nwe ọkụkụ ahụ kpam kpam.

N'akụkụ Ọlụ, nne nwa ga–emesikwa kuru nwata ghagharịa n'ogbe igosị ndị mmadụ eze nwa. Ndị mmadụ ga na–enye nwatakịrị a onyinye dị iche iche dị ka akaruru onye. Na Ngwa, Owere na Mbaise onye hụrụ nwata

eze na–akwa ya ọkụkọ ma ọ bụ inye ya ọkụkọ otutu. Nke a pụtara na mgbe ọkụkọ a bụrụ ụmụ, nwata ahụ na onye kwara ya ọkụkọ ga na–ekeri ụmụ ya.

Na Ngwoo dị na mpaghara Udi, ọ bụrụ na nwata epuo eze, nne na nna ya ga–akpọkọta ụmụaka nọ n'ogbe ahụ meere ha oriri. Oriri a na–egosị ọñụ nne na nna nwere na eze nwa ha puru, nke pụtakwara na nwata bịara ezi ije. Ha ga–enye nwa ha ezi onyinye dị ka ọkụkọ. Nne nne nwa ahụ ga–enye ya ezigbo onyinye. Ndị ogbe ahụ ga–enyekwa ya onyinye dị iche iche.

N'Afikpo o nweghị onyinye ọ bụla onye hụrụ nwata eze na–enye ya. Kama nne na nna nwa ha puru eze na–ekele onye ahụ nnukwu ekele na ọ hụrụ nwa ha eze. E wezụga Afikpo n'ụsọ, akụkụ nile n'ala Igbo na–enye nwa puru eze ihe dị iche iche n'ihi na a naghị agba aka ahụ nwata eze.

Ugbu a omenala dị otu a esikwaghị ike. Onye hụrụ nwata eze n'ọnụ izizi nwere ike inye ya ego ka ya were mezuo omenala, ka ilu ahụ a na–atụ sị na a gbaghị aka were ahụ nwata eze n'ọnụ were na–adị ire.

# 7 ILỤ NWANYỊ N'ALA IGBO

## Okwu mmalite ilụ nwanyị

Alụmdi na nwunye bụ ihe malitere mgbe gboo – mgbe e kere ụwa. Ọ dịghị onye ga–asị na ya malitere ya, kama akwụkwọ nsọ kọwaara anyị otu Chineke si kee nwoke kekwaa nwanyị ka ọ na–enyere ya aka. O nyekwara ha ngozi nke ọmụmụ na ụba n'ụwa. Site n'ebe a, alụmdi na nwunye wee bata n'ime ụwa, wee bụrụ ihe na–esi n'otu ọgbọ ruo nke ọzọ. Ọ bụ otu a ka o siri bata n'ala Igbo ebe anyị matara na akụkọ kọrọ na ndị Igbo bụ agbụrụ ndị Juu.

N'ala Igbo, alụmdi na nwunye bụ ihe ọkpụ bụrụkwa omenala. Ọ bụ ihe dị oke mkpa nke mere na a dịghị agụnye nwoke na–alụghị nwanyị n'oke ọ bụla nwere ugwu na nsọpụrụ. Ọ bụ nke a mere a na–eji akpọ nwoke na–alụbeghị nwanyị aha nleda dị iche iche dị ka okokporo na ọ tụtụrụ ọ taa. Nke a gosịrị na alụmdi na nwunye dịnọọ oke mkpa n'ala Igbo.

## Ihe mere ndị Igbo jiri alụ nwanyị

Ndị nna nna anyị ha ochie nwere ọtụtụ ihe mere ha ji alụ nwanyị. Ha kwenyere nke ọma na ọ bụghị nwoke ọ bụla nwere ike ịlụ nwanyị mgbe ọ masịrị ya. Nwoke ga–erurịrị afọ kwesịrị ekwesị tupu ọ lụọ nwanyị. Ndị Igbo nwere ọtụtụ ihe ha na–ebu n'obi tupu ha alụọ nwanyị. Nke mbụ bụ ka ha wee mụta nwa. Nke ọzọ bụ na ndị Igbo bụ ndị na–arụ ọrụ dị iche iche, nke ka nke ọrụ ubi. N'ihi nke a ha na–achọ ka ha nwee ndị ga–enyere ha aka ọrụ ha.

Ndị Igbo na–alụkwa nwanyị n'ihi na ọ bụ otu n'ime

ihe e ji amara onye bụ ọgaranya, maka na ndị Igbo na-atụ ilu sị na gidigidi bụ ugwu eze. N'oge ochie, ụlọ ebe a na–edobe ego adịghị dị ka ọ dị taa n'ihi ya, nwoke kpatara ego ọtụtụ na–ewere ha lụọ ọtụtụ nwanyị.

## Alụmdi ma ọ bụ nwunye mgbe mmadụ dị na nwata

Ebe anyị hụrụ mkpa ọ dị bụ ilụ nwanyị n'ala Igbo, ọtụtụ alụmdi na nwunye dị iche iche dịkwa n'ala Igbo. N'oge gboo, o nwere ihe mere nne na nna na–eji alụrụ nwa ha nwanyị mgbe ọ dị ntakịrị, mgbe nwata nwoke enweghị ike lụba nwanyị n'onwe ya. Ọ bụrụ na nna nwe ụlọ amụtaghị nwa nwoke n'oge, ọ na–eje ebe a mụtara nwata nwanyị kụdoro ya nwa ya nwoke. Ọ na–eme nke a ka ọ ga–abụ mgbe ọ nwụrụ, nwa ya nwoke enwee onye ga–abụrụ nwunye ya. Oge ụfọdụ ezi na ụlọ hụrụ onwe ha n'anya na–eji alụmnwunye dị otu a wee mesie ịdị na mma ha ike. Nke a na–abụkarị ma ọ bụrụ na otu ezi na ụlọ chọrọ ka nwata nwanyị si n'ezi na ụlọ nke enyi ha biri be ha.

N'akụkụ obodo ụfọdụ dị ka Nnewi, ha na–akpọ omenala a ịlụ nwa nzụnzụ nke ọ bụ mmiri ka nwoke na–alụ nwanyị ga–ekuga ebe a mụtara nwata nwanyị iji gosị na ha ga–alụ ya mgbe nwa ahụ tolitere. N'obodo ndị ọzọ dị ka Ngwo dị n'Ụdị, a na–akpọ ọlụlụ nke a nkụdo nwanyị. Nwoke chọrọ ịlụ nwata nwanyị ga–ewere ọwa chịga na be nne nwata ahụ mgbe a nọ ọmụgwọ nwatakịrị ahụ. Ihe ndị ọzọ nwoke ga na–eme bụ ibugara nne nwata nwanyị nkụ mgbe ọ nọ n'ọmụgwọ. Nwoke ga na–aga ebe ahụ kwa mgbe kwa mgbe igosị na ya dị nkwadobe ịlụ nwa ahụ a mụrụ ọhụụ. Oge ụfọdụ mgbe nwatakịrị bidoro gawa ije, nwoke na–enye aka alụrụ ndị be ha ọlụ dị n'ezi na ụlọ ha. Ụfọdụ ọlụ ndị a ọ ga–enyere aka na ya bụ ịkọ ji ma ọ bụ ede, ya na igbu akwụ. Oge ụfọdụ mgbe nwata ahụ nwere ike matawa ihe, nwoke kụdoro ya na–enye ya

ụmụ ihe onyinye dị iche iche kwa mgbe kwa mgbe. Nne na nna nwata agaghị agwa nwa ha na nwoke a bụ di ya ganye mgbe nwa ha nwanyị toruru ihe dị ka afọ iri na abụọ. Ha na–eme nke a ka ihere ghara ime nwata nwanyị ahụ nke ga–eme ya ka o nwee obi abụọ n'ebe nwoke a nọ n'ọdịnịhu.

Alụmdi na nwunye a na–anwụ anwụ ugbu a n'ihi ihe nsogbu na–esi na ya apụta. Oge ụfọdụ nwata nwanyị agaghị enwe mmasị n'ebe nwoke nọ mgbe nwanyị tozuru ikwuru onwe ya. Ọ bụ nke a na–eweta adịghị n'udo nke ezi na ụlọ. Otu aka ahụ nwoke chọpụta na omume nwanyị adịghị mma mgbe ha biiri, ọ na–ara ya ahụ imere nwanyị ahụ ihe kwesịrị ka e meere nwanyị. A jụọ nwoke ihe mere o ji eme otu a, ọ na–asị na ọ bụghị ya lụtaara onwe ya nwanyị ahụ.

## Nwoke ịlụ nwanyị mgbe o tozuru etozu

Ọtụtụ ihe na–egosị na nwoke etozuola ịlụ nwanyị n'ala Igbo. N'akụkụ Ngwa, ọ bụrụ na nwata nwoke enwee ike ịtụ ọha ihe dị ka afọ abụọ, nke a na–egosị na e nye ya nwanyị na ọ ga–alụnwu ya. Ọ bụrụkwa na nwoke ahụ enwee ike ịkọta ji, ya na igbu nkwụ, a mara na o tozuola ịlụ nwanyị.

N'ebe ụfọdụ, ihe e ji ama na nwa okorọbịa etozuola ịlụ nwanyị na–abụ mgbe o nwere ike ilekwata ezi na ụlọ nna nke nna ya ga–akpachara anya hapụrụ ya otu izu ma ọ bụ karịa. Ọzọ bụ aka isi nwa okorọbịa ike n'ọlụ ịkọ ji na ede, ilekweta anụ ụlọ nke nna ya ga–enye ya. Otu nwa okorọbịa siri eme omume sokwa n'ihe na–egosị na o ruola ịlụ nwanyị tụmadị na nzụkọ nke ụmụnna.

Mgbe nwa okorọbịa chọrọ ịlụ nwanyị, ọ na–eburu ụzọ were ezigbo mkpụrụ ọjị ahụ dị mma jekwuru nna ya ma ọ bụrụ na nna ya dị ndụ. Ọ ga–akọrọ nna ya ma ọ bụ onye na–anọchite anya nna ya ihe o bu n'obi–ya bụ na ya chọrọ onye ga–enyere ya aka n'ọlụ ugbo. Nna ya ga–ajụ

ya ọtụtụ ajụjụ iji wee mata ma ihe ọ na–ekwu osikwa ya n'obi pụta ka ọ bụ na mmadụ dunyere ya. Nna ya ga–ajụkwa ya ka ihe o nwere ha n'ihi na a naghị agba aka agụghe ọnụ ụzọ ndị mmụọ. Ọ bụ eziokwu na ikwu na ibe ga–enye aka, ma onye nkwọta agaghị ebu onye ga–azụ ahịa Eke ụzọ gawa. Ọ bụ site n'ọzịza nwa okorọbịa a ga–egosị nna ya ihe ọ ga–eme.

Ọ bụ eziokwu na nwa okorọbịa nwere ike ịgwa nne ya, ma ọ bụ ọrụ nna ya ịgwa nne ya ihe nwa ha bu n'obi. Mgbe nne na nna kwekọrịtara, ha ga–amata ma o nwere onye nwa ha bu n'obi. Ọ bụrụ na o nweghị ma ọ bụ na onye nwa ha bu n'obi abụghị uche ha, ha nile ga–aba ọhịa ajụjụ iji mata nwata nwanyị si n'ezi na ụlọ kwesịrị wee pụta. Ọ bụ ugbu a ka ha ga–eme ka nwa ha mata ụdị ezi na ụlọ kwesịrị ịdị wee chọọ nwanyị a ga–alụ na nwụnye.

Mgbe a hụrụ nwanyị a ga–alụtara nwa okorọbịa a, ọ na–enwe usoro e ji ajụ ajụjụ maka ya. Nna mụrụ nwoke ga–achọ onye ọ na–adabara ya na ya n'akụkụ nke nwanyị nke ga–abụ onye akaebe. Ọ bụ onye akaebe a ga–ajụta ndị mụrụ nwanyị ma nwata nwanyị ọ nọ nkịtị ma ọ bụ na aka nwe ya bụ mbe a manyere ụdọ. Ọ bụrụ na nwata nwanyị enweghị onye na–alụ ya, ọ bụkwa onye akaebe ga–ajụpụta n'ọnụ nne na nna nwa ahụ ma ọ ga–adabara ha na ezi na ụlọ nke nwoke. Mgbe ọ chọpụtara na ọ ga–adabara ha, ọ ga–ezi nna nke nwoke sị ya na mkpụ dị akụ. Ma ọ bụrụ na onye akaebe chọpụtara n'ọnụ ndị mụrụ nwanyị na ọ gaghị adaba, ọ ga–eweghachiri nwoke ozi ịgwa ya na ihe a hụrụ na a hụkwaghị ya.

Ọ bụ site n'olu onye akaebe a ka nna nwoke ga–eji wega ọjị izizi. Ọjị izizi a na–abụ ezigbo ogbe ọjị na udu mmanya. Iwega ọjị abụghị ozuru mba ọnụ n'ala Igbo. Ebe ụfọdụ e ji ọjị eje okwu nwanyị bụ Udi, Nkanụ na Nsụka. Mgbe nwoke na onye akaebe ruru na be nna nwanyị, onye akaebe na–ewere ọjị na mmanya ha ji bịa cheere nna nwanyị ha bịara be ya. A gọchaa ọjị waa, taa, ha añụọ mmanya. N'ihi na mmanya nke a adịghị ebu ibu,

ọ bụ sọọsọ ezi na ụlọ nwoke mụrụ nwanyị na nwanna ime ezi ya ga–esoro ñụọ mmanya ahụ. Mgbe a ñụchaara mmanya, onye akaebe na–enye nkọwa onye ya na ya yiri bịa. Ọ bụzị nwoke onye akaebe kọwara ga–akọzị ihe mere ede jiri wee bee nwịị. Site na nke a ka ha ga–eji gwa nna nwe ụlọ mgbe ha ga–abịa ọzọ ime ihe bụ uche ya na ezi na ụlọ ya.

Ọjị izizi a bụ iji wee nye onye ọ bụla n'ezi na ụlọ abụọ ndị a oghere iji wee jụọ ajụjụ maka ibe ya. Ọ bụ maka nke a ka nna nwanyị na–eji agwa nke nwoke na ha ga–eje jụọ ya ihe a na–ajụ ihe – dibịa afa. Oge ajụjụ a ka e ji amata otu ezi na ụlọ nwanyị na nwoke ga–alụ nwanyị si eme, otu agbụrụ ha dị. Ọ bụ ugbu a ka onye ọ bụla n'ime ha ga–eji jee be dibịa afa ijụ ase. O nwee aja ọ bụla dibịa afa siri chụọ, a ga–achụ ya tupu nwoke echighaa azụ.

Mgbe ọ dị otu izu ma ọ bụ karịa, nna nwa okorọbịa ga–echigha azụ site n'iwere ite mmanya iji wee je mata ihe ndị be nwanyị jụpụtara. Ọ bụ ugbu a ka ha ga–eji mara ma ije ọ ga–adaba ma ọ bụ na ọ gaghị.

## Ibu mmanya

Omenala nke a dị dị ka obodo siri eme ya. Ụfọdụ obodo na–eme ka nwoke ga–alụ nwanyị soro jee idọ mmanya a na mmanya ndị ọzọ ma n'obodo Ngwo ọ dịghị otu ahụ. Na Ngwo, mmanya a na–abụ ụmụnna dịdebere nna nwanyị. Ọ bụkwa na mmanya nke a ka nwanyị a ga–alụ ga–añụtụ mmanya wee bunye nna nwoke ga–alụ ya iji gosị na ya kwetara ịlụ nwa nwoke ahụ na di. Nwata nwanyị na–eme nke a site na nkuzi nne ya kuziri ya tupu ndị ọgọ ha abịa. A ñụchaa mmanya a, nwanyị ga–esoro nna di ya laa ụbọchị ahụ iwelagara ha ihe e ji bute mmanya. N'ụtụtụ echi ya, ọ ga–alaghachi azụ na be nna ya. Ọ ga–eji ụfọdụ azụ na anụ e jiri siri ya nri n'abalị ahụ nke ọ ga–egosị nne ya. Site ugbu a wee gawa, nwanyị ga na–abịa kwa mgbe kwa mgbe iri nri anyasị na be di ya,

kama na o nweghị ụbọchị ọ ga–arahụ be di ya ruo mgbe e buzuru mmanya ụmụnna nile.

N'akụkụ ebe ndị ọzọ nwoke ga–alụ nwanyị na–eso eje okwu nwanyị, a na–ajụ nwoke ajụjụ. Ọ bụkwa nwoke a ka nwanyị ga–ebunye mmanya mgbe ọ ñụtụrụ ntakiri. Ụfọdụ akụkụ ndị a bụ Ọba dị n'Isiụzọ, Ọkpọsị dị n'Ọhaọzara, Ngwa, Odume dị n'Ọgụ, Ọlụ, Ụmụahịa, Owere na Nnewi.

N'akụkụ Ụtụ dị na Nnewi, ụzọ e si alụ nwanyị dị obere iche. Nwoke ga–alụ nwanyị adịghị eji ọji eje okwu nwanyị dị ka ọ dị na Ngwo na Nsụka. Ihe mbụ a na–eme n'obodo a bụ nwoke na onye akaebe iburu mmanya jee jụọ ase maka nwanyị ọ ga–alụ. Mgbe a ñụchaara mmanya a, iji wee gosị na okwu ga–adaba, nna mụrụ nwanyị ga–asị ndị bịara abịa, 'Mmanya sọrọnụ sonyekwa'. N'Owere a na–asị mmanya gbara ihe a ya gbakwaa ọzọ. Nke a pụtara na nwoke na–achọ ịlụ nwanyị neziri ike bịawa okwu nwanyị. Ọ bụ site na nke a ka ezi na ụlọ abụọ ndị a ga–eji jụọ ajụjụ maka ije nwoke bịara. Ọ bụ n'ihi nke a ka nna mụrụ nwanyị ga–eji gwa nwoke na 'Ọ bụzị onye jewe ọha uche, onye jewe ọha ajụjụ'.

Mgbe nwoke chighatara azụ ịmata ihe ọgọ ya jụtara ka ọ ga–agwa ọgọ ya mgbe ọ ga–abịa ịgba ngọ ma ọ bụ iru ahịa nwanyị. Mmanya o jiri bịa nke abụọ a ga–akatụ nke mbụ. Nke a bụ ma ọ bụrụ na ije ịlụ nwanyị ga–adaba n'etiti ya na ndị ọgọ ya.

Ụbọchị a ga–agba ngọ bụ ụbọchị nna mụrụ nwanyị ga–agwa nwoke ego ole ọ ga–akwụ, n'isi nwa ya. Mgbe ha kwekọrịtara n'ego a ga–akwụ, nwoke ga–alụ nwanyị ga–enye ole ego o ji ụbọchị ahụ n'ihi na a na–ekwu na a dịghị akwụcha ihe dị na nwanyị akwụcha. Ugbu a nwanyị ga–esoro ndị di ya laa nọọ ụbọchị ole na ole. Nke a bụ ka di ya wee mata omume ya, nwanyị ewee matakwa omume di ya. Bido ugbu a wee gaba, a ga–ebido na–eme omenala dị iche iche nke ọ bụ e mechaa nwanyị ewee baa iru mgbede. Ebe ụfọdụ, a na–eje ije abalị anọ, asatọ ruo

n'ibu mmanya ukwu na ikwụ akụ nwanyị. Nke ọ bula na ihe omenala ya so. A ga–emecha ihe ndị a tutu nwanyị alaa dị.

## Onye akaebe

Bido mgbe ịjụ ase wee ruo mgbe nwanyị na di biri, onye akaebe na–arụ ọtụtụ ọrụ dị iche iche. Mgbe a na–akwụ akụ nwanyị, o nwere ego a na–enye onye akaebe. Onye akaebe na–ahụ na udo dị n'etiti di na nwunye ma ọ bụrụ na esemokwu adị. Ọ na–ahụkwa na udo dị n'etiti ọgọ na ọgọ. Ọ bụrụ na esemokwu adị nke ga–eme ka nwanyị laa be nna ya, onye akaebe ga–ahụ na ya nwara oko ya ikpere ha udo. Nke a na–adị otu a maka na ọ bụrụ na di na nwunye mechaa gbaa onwe ha alụkwaghịm, ọnụ mmiri okwu onye akaebe na–eso n'ihe e ji ekere ha ikpe.

Otu onye akaebe siri dị mkpa, ọ bụrụ na nwoke lụrụ nwanyị anwụọ mgbe ọ dị n'okorọbịa, o nwee nwanna ya ga–akụchi nwanyị ahụ, dị ka ọ dị n'akụkụ ụfọdụ, onye akaebe ga–eme ka nwanna nke nwụrụ anwụ ga–akụchi nwanyị mata ọnọdụ nwoke ahụ na ọgọ ya mgbe ọ dị ndụ. Ọ bụ ọrụ ya ịkọwara nwanna nwoke onye nwụrụ anwụ ihe bụ nsọ ọgọ onye nke nwụrụ anwụ ka nsogbu ọ bula ghara isi na nkụchi ahụ puta.

## Mmadụ ịlụrụ onye ọzọ nwanyị

N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo, mmadụ nwere ike ịlụrụ onye ọzọ nwanyị. O nwere ihe ụfọdụ na–akpata ime nke a. Ọ bụrụ na mmadụ etozuo ịlụ nwanyị ma ọ lụghị n'ihi na o dobeghị ego akụ nwanyị, ndị ikwu na ibe ya nwere ike gbakọọ tụọ alo ka a ga–esi hụ na ọ lụrụ nwanyị. A na–emekarị nke a ma ọ bụrụ na a hụrụ na onye ahụ bụ onye na–agba mbọ nke ukwuu ma ihe ụwa anaghị agara ya nke ọma. Otu onye dị onye ahụ n'ahụ nwere ike kwe nkwa n'ihu ụmụnna ya kweta na ya ga–ahụ banyere ihe a ga–eji a lụrụ onye ahụ nwanyị. A na–asị nwoke ahụ chọba onye masịrị ya ọ ga–alụ. Mgbe ọ chọtara onye masịrị ya, ụmụ–

nna ga–ejegide okwu nwanyị ahụ ruo mgbe okwu ọnụ nwanyị biri ọ fọdụ ime akụ nwanyị na ibu mmanya nwanyị. Ugbu a onye kwere nkwa ego ga–eweta ego, ụmụnna ebute mmanya e wee gaa mee ihe nile dị na ya iji lụtara onye ahụ nwanyị. Oge a kpọlatara nwoke ahụ nwanyị, ikwu na ibe ga–esere aka hapụrụ nwoke ihe ndị ọzọ gbasara ọlụlụ nwanyị dị ka ịkpọnye nwanyị akwa, na ịhụ na ọ na–agba azị. Ọ bụrụ na nwoke a lụtaara nwanyị enweghị ike ime ihe ndị ọzọ nke ọma, ụmụnna na–ajụ ya, 'Ọ bụ a kpọnye gị nwanyị a kpọnye gị ute?'.

Onye ọzọ e nwere ike ịlụnye nwanyị n'ala Igbo bụ onye toruru ịlụ nwanyị ma ọ lụghị n'ihi na ọ na–eme ofo ogori, isogharị ụmụ nwanyị nke mere na ọ chetakwaghị na ya ga–alụrụ nwanyị nke ya. Ụmụnna ga–adụ ya ọdụ ka ọ lụrụ nwanyị maka ọdịmma nke ya na ụmụnna ya n'ihi na a sịrị na nwanne mmadụ na–agba egwu onye ifoṅfo, ọkọ iku ana–akọ ya. A dụkata onye ahụ ọdụ ma ọ nụghị, ụmụnna ya na–aga kwubie okwu nwanyị, mee ihe dị na ya kpọlatara ya nwoke ahụ. Ọ bụrụ na nwoke nọ n'ụzọ, a na–ezi ya ozi ka ọ lọta kpọrọ onye a lụtaara ya. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụ site n'ịlụnye onye dị otu a nwanyị ka anya ga–eji ruo ya ala.

N'ọtụtụ ebe n'ala Igbo, a na–alụrụ onye na–etorubeghị ogo nwanyị. A na–alụrụ onye ahụ onye ya na ya ga–etolite n'otu mgbe. Ọ bụrụ na nke a emee, nne na nna nke nwoke ga na–azụ ha abụọ ruo mgbe ha jiri ruo ogo ibiri n'onwe ha dị ka di na nwunye. A na–emekarị nke a n'akụkụ Ọhafịa na Abịrịba ebe a na–ewe ịlụ nwanyị ka ihe aka mkpa nna nwere ike imere nwa ya tupu ọ nwụọ n'ihi na ha na–eri na nne. Ndị ọzọ na–alụkwara nwa ha nwanyị n'etoghị eto bụ ndị Nsụka, Ngwa, Udi, Ụtụ dị na Nnewi na Mbaise. Ebe a na–eme otu a, ọ bụghị iwu na nna ga–emerịrị ya nwa ya kama ọ bụ ndị aka dị mma na–eme ya.

Nwanyị nwere ike ịlụtara di ya nwanyị ọzọ ma ọ bụrụ na ha ebiela ogologo oge n'amụtaghị nwa. Tupu nwanyị

amalite mebe nke a, ọ ga–bụriri nwanyị aka dị mma. Ọ ga–ahụkwa na ya na di ya kpara ya akpa nke ọma. Ọ bụ nwanyị ahụ na–eji aka ya ahọta onye masịrị ya nke o chere na ọ ga–amasịkwa di ya. Mgbe ụfọdụ ọ na–abụkarị onye dị nwanyị ahụ n'ahụ dị ka nwanne ya ma ọ bụ enyi ya. A na–eje okwu nwanyị a dị ka e si eje ndị ọzọ mana otu ihe dị iche bụ na onye ga–eweta ego akụ nwanyị na–abụ nwanyị e were na ọ bụ ya na–alụrụ di ya nwanyị ahụ. Oge e mechara ihe nile gbasara ịlụbata nwanyị ọhụụ ahụ, ọ ga na–asọpụrụ nke ochie dị ka o si asọpụrụ di ya.

Nwanyị nwekwara ike ịlụru nwanyị ibe ya n'ebe ụfọdụ n'ala Igbo. Nke a na–emekarị ebe di na nwunye amụtaghị nwa nwoke tupu di nwanyị anwụọ. Iji hụ na a mụtaara nwoke ahụ nwa nwoke ga–anọchi ngwuru ahụ, nwanyị ya nwere ike gaa lụbata nwanyị ọzọ n'aha nwoke nwụrụ anwụ. Ọ na–eme nke a ka ọ mara ma nke ọhụụ ọ ga–amụta nwa nwoke n'ihi na ndị Igbo na–asị na onye amụtaghị nwa nwoke na ama ya chiri echi.

## Mmadụ ịlụchiri mmadụ ọzọ ma ọ bụ alụsị nwanyị

N'ala Igbo, n'ebe ụfọdụ dị ka n'akụkụ ụfọdụ n'Anambara Steti dị ka n'Isiụzọ, Njikọka, Idemili na Abakaliki, mmadụ nwere ike ịlụchiri mmadụ ọzọ ma ọ bụ alụsị nwanyị.

N'oge gboo mgbe a na–alụ agha ma ọ bụ mgbe a na–atọ mmadụ, e nwere ike igbu ma ọ bụ ịtọrọ nwanyị mmadụ. Mgbe a lụchara ọgụ, o ruo oge a ga–ekpe udo, a ghaghị ihụ na ndị ahụ e meriri lụchiri ndị ha gburu nwanyị ha nwanyị ọzọ. Nke a na–eso n'ihe e ji ekpe udo. Nke ọzọ bụ na mmadụ gburu nwanyị onye ọzọ ga–alụchiri ya nwanyị ya. N'oge ụfọdụ ọha obodo na–alụchiri nwoke nwanyị ya a tọọrọ n'oge agha.

N'otu aka ahụ ka ọ dị n'ebe alụsị dị. Alụsị obodo ndị a nwere ike ikwu sị na ya chọrọ ụmụ nwanyị ndị ga na–

ejere ya ozi. Ndị obodo ga–aga na mba ọzọ gaa tọta ma ọ bụ gote ụmụ nwanyị bịa were ha nye alụsị ahụ. Mgbe ụfọdụ a na–agoro alụsị ụmụ nwanyị ndị a ha ewee bụrụzịa osu bụrụkwa inyom alụsị ahụ.

N'Ọba dị n'Isiụzọ, o nwere otu oke alụsị a na–akpo, 'Ochegu Oluuwa – O gbuo ọkwara ngwongwo'. Ọ bụrụ na alụsị a egbuo mmadụ dị ka ndị ñụrụ alụsị ahụ, a ga–eduru mmadụ nile onye ahụ nwere dunye n'alụsị ahụ. Ndị bụ ụmụ nwanyị n'ime ha ga–abụrụzị ụmụ nwanyị alụsị ahụ – inyom alụsị. Ọ bụ onye eze alụsị ga–alụba ụmụ nwanyị ndị a n'aha alụsị a.

## Iri na nne

Ọ bụ eziokwu na omenala alụmdi dị na mba dị iche iche, tinyere n'ala Igbo, ma n'ebe ụfọdụ nna mụrụ ụmụaka nwe ha. Nke a pụtara na ụmụ nwanyị a mụrụ na–ala na nna. Ma o nwere ebe ụfọdụ n'ala Igbo, iwu adịghị otu a. Ebe ndị a bụ Ọhafịa, Afikpo, mba nile mebere Abam dị ka Ụmụhu Abam, Ameke Abam, Ndịebe Abam, Ozu Abam, Ndị Mmeme Abam dị n'okpụrụ Bende. Ndi ebe a na–eri na nne. Ihe nke a pụtara bụ na nna nne ma ọ bụ ndị umere nne mmadụ ga–ahụ ụmụ ya n'anya, werekwa ha ka nke ha karịa ndị nna mụrụ nwa nwoke ahụ. Ha ka ọ dịịrị ịhu na a zụrụ nwata ahụ nke ọma n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ n'ọrụ aka na n'ahịa.

Otu aka ahụ nwata nwoke ahụ ga–amatakwa na ebe ebube, nsọpụrụ na ugwu ya nile ka bụ n'ụmere ma ọ bụ ikwu nne ya. Nke a pụtara na nwa ahụ ga na–elezi ndị nne ya anya nke ọma, werekwa ha ka ha na ya bụ otu nne na otu nna a mụrụ ọtu ebe. A sị na onye riri mkpụrụ amụ ebule ji ibi ụgwọ, ya bụ na nwata nwoke a maara na ọ bụ ọrụ dịịrị ya ịdị na–eme ihe emegara n'umere nne ya karịa na nna ya.

Ụmụaka nwoke lụrụ nwanyị nwe bụ ụmụaka ndị nwanyị. Ndị a bụ ndị ọ ga–abụ mgbe ha lụrụ di, ụmụ

nwoke ha ga–amụta alaghachikwute nna nne ha bụrụ ụmụ ya. Ọ bụ ụmụ nwoke ndị a ga na–efe nna nne ha. Otu aka ahụ nwoke ahụ ga–elekwa ụmụaka a ka ụmụ ọ mụrụ n'afọ ya. Omenala nke a ka dị ugbu a n'obodo ndị a.

N'obodo ụfọdụ dị ka Ameke Abam, iwu iri na nne a dị oke ire nke pụtara na nwa nwoke anaghị aza aha nna mụrụ ya n'afọ. Aha nwata nwoke na–azawa bụ aha nna nne mụrụ ya. Ọ bụ nanị ndị nwanyị na–aza aha nna mụrụ ha. Omenala nke a na–adabara ha n'ihi na a sịrị na nkụ dị na mba na–eghere mba nri.

## Ihachi Nwanyị

Mgbe ụfọdụ nwoke nwere ike ghara amụtaghị nwa nwoke n'ihi oke chi. N'ihi nke a ọ gaghị enwe onye ga–anọchi ngwuru ya ma ọ nwụọ. N'ebe ụfọdụ dị ka n'Ihiala, Oru, Nnewi, Agụata, Ụmụahịa, Ọlụ, Orumba na Isiụzọ, nwoke ahụ nwere ike ịhapụ otu n'ime ụmụ nwanyị ọ mụtara na be ya ka ọ nọdụ mara ma ọ ga–amụtara ya nwa nwoke. Nke a ka a na–akpọ ihachi nwanyị.

Ihe nke a pụtara bụ na ụmụ nwa nwanyị ahụ ga na–aza aha nna nne ha dịzịa ka ọ bụ nna nne ha bụ di ya. Ụdị omenala dị otu a na–anwụzi anwụ ugbu a ka mgbe ndị ụka na kọọtụ na–agbazi ndị mmadụ akwụkwọ mee ka alụmdi na nwunye bụrụ otu nwoke maka otu nwanyị, ma ọ dị mma ma ọ dị njọ ruo mgbe ọnwụ ga–ekewa ha abụọ. Ndị na–ekpe ụka na–egosị na nhachi nwanyị a dị ka omenala adịghị mma n'ihi na o megidere iwu ụka.

## Alụmdi nke a na-akpọ ọjọnkịjọ

N'ebe ụfọdụ n'ala Igbo dị ka n'Eha–Amụfụ dị n'Isiụzọ, Igbere, Abịrịba, Item, Alayị dị na Bende na Ọhafịa, ụmụ agbọghọ na–ala di n'ọgbọ n'ọgbọ. Oge ha ji ala na be di

bụ n'ọnwa asaa. Oge a na–abụ oge a na–eme oke oriri, mana o nwere otu ihe ndị Ọhafịa, na–eme pụrụ iche. Nke a ka ha na–akpọ ọjọnkịjọ.

Ọ bụrụ na a lụsịa ụmụ agbọghọ ndị otu ọgbọ ma ọ ka nwere ndị fọdụrụ alụghị di, ndị ahụ ga–agbapụ n'ụlọ nna ha n'ụbọchị ndị ọzọ ga–ala be di ha. Ihe obodo ga–eme bụ ime nchọpụta pụrụ iche ịgụkọ ụmụ agbọghọ ndị na–alụghị di na ụmụ nwoke ndị enweghị ike ịlụta nwanyị. Ụmụ nwoke ndị a alụghị nwanyị ka a ga–ekeere ụmụ nwanyị ndị a alụghị di n'efu. Tupu e dulara ha ụmụ nwanyị ndị a, a ga–eme ka ha mara. Otu aka ahụ ndị nwanyị a ga–edulara ndị nwoke ga–amakwa tupu ụbọchị a kara aka eruo.

Ọ bụghị sọọsọ ụmụ nwanyị alụghị dị ka a na–edula na be di ụbọchị ahụ. A na–edula ụmụ nwanyị nile bụ ndị si na be di ha gbapụta n'emume a bụ ọjọnkịjọ. Ọ bụrụ na o nwere nwoke chọrọ ka e dutara ya nwanyị na ndị sị be di gbapụta, a ga–eme nke a ụbọchị ahụ a na–eme omenala a. N'Ọhafịa, ebe a na–eme emume bụ ọjọnkịjọ, ọ bụ egwu a na–agba ụbọchị a na–edula ụmụ nwanyị ndị a. Ọ bụ ndị obodo na–akụrụ ụmụ nwanyị egwu a nke ha ga–agbara mgbe a na–edula ha na be nwoke.

Ụbọchị a kara aka maka emume a ruo, ndị obodo ga–eme emume pụrụ iche maka nke a. E mechaa emume a, a kụrụ egwu a nke ụmụ nwanyị ndị a ga na–agba, duru ha dulaara nwoke dị ka ụfọdụ ndị nwoke si chọọ ma ọ bụ nwoke ndị enweghị ike ịlụ nwanyị n'ihi oke chi ma ọ bụ ọnọdụ nsogbu ọzọ sitere n'enweghị ike ịlụ nwanyị.

Omenala ọjọnkịjọ abụghị ihe a na–eme kwa daa ma ọ bụ mgbe nile ma nke ikpe azụ e mere ya n'Ọhafịa bụ nke e mere mgbe a na–alụ agha Naịjịrịa n'afọ 1969. Otu ihe dị mkpa n'omenala a bụ na ọ na–eme ka ụmụ nwanyị ghara ịgbapụ be di ha mpụ n'ihi oke ihere ọ na–ewetara ha ma ha gbapụchaa be dị ha. Ọ bụ otu ụzọ omenala ndị Ọhafịa ji eme ka udo dị n'etiti nwoke na nwanyị lụrụ

onwe ha iji wee gbochie ihe ọjọọ na–adị na nwanyị ihapụ di ya.

Anyị agaghị asị na omenala a so na ndị nwụrụ anwụ ma ọ bụ na ọ bụ otu na ndị dị ndụ n'ihi na ọ bụ ihe a na–eme iji gbochie ajọ ihe mgbe ọ dị mkpa. Nke a gosịrị na ọjọnkịjọ nọ dị ka ụka ndapụta. Ọ pụtara na omenala a nọ dị ka nkụ dị na mba na–eghere mba nri. O gosịrị na omenala nọ dị ka mba ọ bụla siri dobe ya ọ dịrị ha.

## Ịgba achọkwaghịm

Ịgba achọkwaghịm bụ di na nwunye ikewa, nke onye ọ bụla ga–eji nọrọ nke ya. Mgbe nwoke na nwanyị lụrụ onwe ha bidoro biri n'ụlọ, ọ na–abụ oge ha ji amata ụdị ndụ onye ọ bụla n'ime ha dị. Anyị maara na alụmdi na nwunye ọhụụ bụ ahịa ngwugwu, ọ dịghị onye ma ihe dị n'ime ya tupu a tọpuo ya.

Ịgba achọkwaghịm ezughị ọnụ n'ala Igbo dị ka ọ dị n'Ụmụahịa, Nsụka, Oru, Ọlụ, Owere, Mbaise na Arọchukwu. N'obodo dị ka Ngwoo, ọ bụ nwoke na–egosị na ya achọghị nwanyị ọzọ nke mere na nwanyị nwere ike lụrụ di ọzọ nke nwoke mbụ agaghị achọ ịnaghachi ngọ. Dị ka ọ dị na Ngwoo na akụkụ Udi ụfọdụ emume a abụghị ihe na–eme oge nile maka na a na–agwa nwanyị tupu ọ lụọ di na o nweghị ihe ga–ekewa ha ma ọ bụghị sọ ọnwụ.

N'ọtụtụ obodo ndị ọzọ n'ala Igbo, ọtụtụ ihe na–eme ka di na nwunye tọsaa onwe ha. Otu n'ime ihe ndị a bụ ịkwa ikọ ma ọ bụ ịgba akwụla. Ọ bụrụ na ihe dị otu a emee, nwoke chọrọ ịgba achọkwaghịm ga–akpọkọta ndị ụmụnna ya kọọrọ ha ihe nwunye ya mere ya, gwakwa ha na ya achọkwaghị ịlụ nwanyị ahụ ọzọ. Ndị Igbo weere ịkwa iko dị ka ihe ọjọọ. Ụmụnna nwoke, mgbe ha chọpụtara na ihe nwoke na–ekwu ziri ezi, ga–akwụrụ ya n'azụ wee kpọrọ nwanyị ahụ kpọnye onye akaebe ka ọ kpọlara ya nna mụrụ ya.

Tupu di na nwunye ekewaa, ndị okenye ga–eleba anya n'okwu na–esere ha hụ na ikpe mara nke nwanyị ezie ga–eweta nkewa. Ọ bụrụ na ha ekewaa site n'ụdị na ọ bụ nwoke kpọlara nwanyị, nna mụrụ nwanyị agaghị akwụghachi ngọ nwanyị wee ruo mgbe nwanyị ahụ lụrụ di ọzọ n'ihi na ọ bụ nwoke gbara nwanyị alụkwaghịm. Ma ọ bụrụ na ọ bụ nwanyị gbaara nwoke (di ya) achọkwaghịm, ya na nna ya ga–akwụghachị di ya nke mbụ ngọ ọ kwụrụ na–agbanyeghị ma nwanyị o nwere di ọzọ ma ọ bụ na o nweghị n'ihi na ndị Igbo na–ekwu na onye chọọ ịlụ di Asaba, ọ mụwa igwu mmiri maka na onye kpatara nkụ arụrụ siri ngwere bịara ya oriri.

Ọ bụrụ na ụmụ ha mụtara etoola, ọ bụ di nwanyị ga–akpọrọ ha. Ma ọ bụrụ na ụmụaka ndị a etobeghị, nwanyị ga–akpọrọ ha na–azụ wee ruo mgbe ha tolitere ibinyere nna ha. Mgbe ụmụaka ndị a nọ be nne ha, nna ha ga na–enye ego ma ọ bụ ihe nwanyị ga–eji na–azụ ha ruo mgbe ha tolitere o wee kpọrọ ha.

Ihe ọzọ na–akpata achọkwaghịm n'etiti di na nwunye bụ ọrịa. Ọ bụrụ na di ma ọ bụ nwunye adaa n'ọrịa jọrọ oke njọ nke enweghị ngwọta, onye ọ bụla n'ime ha na–ekewapụ onwe ya. Ọ bụrụ na ọ bụ nke nwanyị dara n'ọrịa dị otu a, ọ dịghị ngọ a na–akwụghachi nwoke.

Ihe ọzọ na–ebute ịgba achọkwaghịm n'etiti di na nwunye n'ala Igbo bụ amụtaghị nwa kama na nke a ezughị Igbo nile ọnụ. Ọ bụ ihe dịrị onye ụdị nsogbu dị otu a dapụtara ịma ma ikpebi ihe ọ ga–eme. Ma ọ bụrụ na nwoke achọkwaghị nwunye ya n'ihi na ọ mụtaraghị ya nwa, nwoke ahụ agaghị anata ngọ ya ma ọ bụghị mgbe nwanyị lụrụ di ọzọ. Otu ọ dị, ọtụtụ mgbe ka nwoke na nwanyị amụtaghị nwa na–ekpebi ịlụta nwanyị ọzọ karịa ịgbara onwe ha achọkwaghịm.

## Ihe ọjọọ dị n'alụkwaghịm

Alụkwaghịm abụghị ihe ọma n'ala Igbo. Ọ na–abụ ihe

ọjọọ mgbe di na nwunye bikatara n'otu ụlọ ruo n'ikpe azụ ha bụrụ ndị kewara onwe ha. Alụkwaghịm na–emechụ ihu ọgọ na ọgọ. Ndị Igbo kwenyere na ọgọ bụ ikwu atọ maka na mgbe mmadụ lụrụ nwanyị, ndị ala ya na–ama, ikwu na ibe ya na–ama, ndị ikwu nne ya na nke nwanyị na–ama. Nke a na–eme ka mmadụ ndị dị iche iche makọrịta onwe ha dị ka ọgọ na ọgọ. Ma ọ bụrụ na nkewa adị ma ọ bụ bata n'etiti nwoke na nwanyị n'ikpe azụ, ọ na–abụ ihe mwute nke ukwuu mgbe ọgọ abụkwaghị ọgọ dị ka ọ dị na mbụ, mgbe ikwu na ibe mabụru onwe ha na–erikọ dị ka enyi na enyi n'aha di na nwunye enwekwaghị ike ime otu a n'ihi nkewa.

Achọkwaghịm na–emekwa ka ịkwa ikō baa ụba n'ihi na ọ bụrụ na nwanyị enweghị onye lụchiri ya, ọ dịghị ihe ọzọ ọ ga–eme karịa ịdị na–akwụgharị n'isi ụzọ dị iche iche.

Ọ bụrụ na di na nwunye mụtara nwa tupu nsogbu achọkwaghịm adaa, ọ na–eme ka ụmụ ha ghara inwe ezigbo ọzụzụ. Nke a na–adị otu a n'ihi ndọrọ ndọrọ nwoke na nwanyị ga na–adọ iji mee ka ụmụaka ndị a hụ otu n'anya kpọọ nke ọzọ asị. Ezigbo ọzụzụ ụmụaka na–aka mfe ma ọ bụrụ na nne na nna biri n'udo jikọọ aka ọnụ wee nye ụmụ ha ọzụzụ kwesịrị ekwesị.

Alụmdi na nwunye dị ka anyị siri mara ya bụ ihe ọkpụ bụrụkwa ihe a na–asọpụrụ asọpụrụ n'ala Igbo. O gosịghị ezi ihe ma ọ bụrụ na nwoke ma ọ bụ nwanyị tozụru oke n'ala Igbo alụghị di ma ọ bụ nwunye n'ihi na a sị na ụsụ anaghị eme ihe ọma wee were uchichi apụta. Ọtụtụ omenala dị njọ n'alụmdi na nwunye bụ ihe na–ala ala n'ala Igbo. Dị ka ihe ịma atụ ọ bụ imechi iri na nne ka ndị Ọhafịa ji ahapụ be ha gaa obodo ndị ọzọ lụrụ nwanyị. Otu aka ahụ ịlụrụ arụsị nwanyị na–ala ala n'ala Igbo.

Site na nchọpụta nke a, a hụrụ na omenala alụmdi na nwunye dị iche iche dị ka obodo si eme ya; ma otu ihe jikọtara ha nile ọnụ n'ala Igbo bụ na ọ bụ nwoke na–eji mmanya gaa ilụta nwanyị.

# 8 IBI UGWU N'ALA IGBO

Ibi ugwu bụ otu omenala zuru Igbo ọnụ. Site n'ọnụ oke osimiri Atlantiki ruo ọ bụla na ndị Igbo bidebere ndị Awụsa ya na site n'iga iyi Kros Riva, kufee Naịja gawa n'ụmụnna anyị bi n'ofe Bendel. Mmalite ya na ihe kpatara e ji eme ya nyịrị nkọwa ndị na–eku ume taa. Nke a mere na onye ọ bụla a jụrụ ma ọ bụkwanụ ihe kpatara e ji ebi ya; ihe a ga–asa bụ 'Site kamgbe nna nna anyị ha, Igbo nile na–ebi ugwu; anyị amụghị ya amụ, nke a ga–asị na ọ bụ ndị ọcha wetaara anyị ya; ma, agaghị m akọlị ihe kpatara anyị ji ebi ugwu'. Nke mere na mbọ nile a gbara ka a chọpụta otu o siri malite na ihe kpatara Igbo ukwu na nke nta ji ebi ugwu ghọrọ itinye nnu n'ogbu iyi.

Ma dị ka a gụtara n'akwụkwọ, ụfọdụ rụtụrụ aka sị na omenala a dị n'otu ihe mere ụfọdụ ji eche na ndị Igbo sitere n'agburu ndị Juu pụta. Ụfọdụ mmadụ jụwara isi ikwenye n'akụkọ a, n'ihi na ha na–ekwu sị na ọ bụrụ na e kwere nke a, na ọ pụtara na agbụrụ nile na–ebi ugwu taa n'elu ụwa sitere n'agbụrụ ndị Juu. Arụmarụ ndị a adighị mkpa n'ihi na nwata kwuru okwu sị, 'Onye ọ masịrị ya buru iko nne ya, na ihe ya chọrọ oge nile ya sara aka bụ ka isi oke jụ ya aka'.

## Gịnị bụ ibi ugwu?

Oge a mụrụ nwa, ị lee ya anya n'ihe e ji mara ya ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwanyị a ga–ahụ na o nwere ihe dị iche na nke ha na nke dimkpa ọzọ biri ugwu. Ihe kpatara nke a bụ na o nwere anụ ahụ na–anọnye ọnọdụ adịchaghị mma ile anya ebe ahụ. Igbu ogologo akụkọ mkpirisi, ọ bụ ibechapụ anụ ahụ ahụ ka a na–akpọ ibi ugwu. Ndị

Amandụgba, Ụmụaka, na ụfọdụ obodo ndị ọzọ dị Ọlụ gburugburu na–akpọ ya ikwa ụkwụ.

O nwere ndị ọ bụ ọrụ ha ime nke a. Ọha na eze jiri nke a mara ha. Igbo ọ bụla na–ebi ugwu na nwata na–eme ya ma izu abụọ gasịa ka a mụchara nwa. Na mpaghara dịgasị iche iche n'ala Igbo ibi ugwu bụ ọrụ dịrị nwoke ma ọ bụ nwanyị chọrọ ịmụ na ime ya. Ma n'ebe dị ka Mbaise na ndị ọzọ, ọ bụ nani ụmụ nwanyị na–ebi ugwu. Ma onye ọ bụla na–arụ ọrụ dị otu a na–abụ onye na–akpachapụ anya n'ihe ọ bụla ọ na–eme tụmadụ nke a.

Ọ bụghị ụdị mma ọ bụla a hụrụ e buru gawa ibi ugwu. O nwere nwa obere mma ndị na–ebi ugwu na–eji arụ ọrụ. Ndị Mbaise, Ngwa na ndị ọzọ na–akpọ ya agụwa, ndị Ọnịcha prọvinsi na–akpọ ya agụba. Ndị Ụmụahịa ụfọdụ na–akpọ ya nsọ.

Tupu o ru abalị asatọ ka a mụchara nwata, nna nwata ahụ ma ọ bụ onye o ziri ka o jeere ya; ga–aga kpọọ onye ọrụ ya bụ ibi ugwu. Onye a ọrụ ya bụ ibi ugwu ga–agwakwa ha ihe a ga–enye ya. Ọtụtụ oge, adịghị arụwa ya ọnụ n'ihi na ọ bụ ihe ahụhụ na ngwere mara ihe ọ bụ. Ihe ọzọ dị n'ime ya bụ na ihe ha na–ana adịghị abụ ihe na–esi oke ike tupu enweta ya. N'ọtụtụ ebe ọnụ ọgụgụ ihe ndị a na–adị anọ anọ.

Ụbọchị a kara agba ruo, onye na–ebi ugwu eburu ngwongwo ya wuchie. Tupu ya amalite ọrụ ya, a na–egwu obere ala ebe ọbara si n'ahụ nwata ahụ ga na–agbanye mạ siekwara ya mmiri ọkụ a ga na–akwọsa n'ebe ahụ a na–ebi ya ugwu. Onye ahụ na–ebi ugwu ga–ekechisi ụmụ mkpọmkpọ na mkpọmkpọ dịgasị iche iche bụ ọgwụ a ga na–emesa ya n'ọnya ka o wee laa ọsịịsọ. Oge a ga–ebi nwata ahụ ugwu ọ bụghị nne ya ga–eku ya n'ahụ tụmadụ ma ọ bụrụ nwa mbụ nwanyị ahụ mụrụ bụ nke a. Ọ bụ nne di nwanyị nwe nwa ahụ, nwanne di ya onye nwanyị, onye agbatobi ma ọ bụ nwanyị ọzọ katarala ahụ na–ekudo nwata ahụ. oge ụfọdụ a dịghị ekwe ka nwanyị ahụ nọdụ hụ ebe a na–ebi nwa ahụ ugwu. A na–eme nke a

n'ihi na e chere na ọ bụrụ na a hapụ nwanyị ahụ ebe ahụ a na–ebi nwa ya ugwu, ihe a na–eme nwa ya ga na–ewute ya. Obi nne ga–eme ka o soro nwa ya bewa akwa.

Ọ bụrụ n'Ọkpọsi, a na–ejiri eriri manye n'anụ ahụ ahụ a na–ebipụ ebipụ ka o wee dị ofere ijideta aka. E bipụtacha anụ ahụ ahụ, nne nwa ahụ ga–ekekọta ya na alọ nwata ahụ were ya nye di ya. Di ya ga–ewere ya ga linye n'ala ubi ọ bụla masịrị ya. Site ụbọchị ahụ e liwere alọ ahụ ebe ahụ, ala ahụ abụrụla nke nwa ahụ e ku n'aka. Ya tota ọ dịghị onye ga–azọso ya ahụ, ma ọ bụ onye ga–asị na ya na ya ga–eke ya eke ma a chọọ nna ha ahụghị. Ọbụ n'ukwu nkwụ ka ndị Etiti dị n'Okigwe na ndị Ubomiri dị na Mbaitoli na–eliwe ya. Nkwụ ahụ wee bụrụkwa nke nwata ahụ. Nne ya ga na–eledoro ya anya ruo oge o toro dimkpa. Ndị Owere, Ọlụ, Ụzụakọli na Ụmụahịa na ndị ọzọ adịghị enye nwata ihe n'ihi na e biri ya ugwu.

Onye na–ebi ugwu rụchaa ọrụ ya, a na–enye ya ihe rutere ya dị ka e siri kwụta na dị ka omenala siri dị. Dị ka a rụtụrụla aka na mbụ, ọnụ ọgụgụ ihe a na–enye ya na–adịkarị anọ anọ na mpaghara ụfọdụ. N'Ụmụnze dị n'Agụata Divishọn a na–enye ya ụzọ ji abụọ na–adị anọ anọ. Otu nke mbụ ka a na–akpọ oke ji, nke ọzọ bụrụ nne ji. Ihe ndị ọzọ a ga–enye ya bụ ego kobo iri anọ, kọbọ anọ, ọjị anọ na ihe oriri na ọñụñụ ọ ga–eji nyere ndụ ya aka ebe ahụ. N'oge gboo ndị Owere na – enye ọgụ ego kịrịkịrị ma ọ bụ ọgụ na iri. Ndị Ụmụahịa na–enye kọbọ isii, ọjị na mmanya, ebe ndị Mbaise na–enye ji abụọ, ego abụọ, mmanya na ihe oriri na ihe ọñụñụ ndị ọzọ gasị. Ya richaa, ñụchaa, ya ekelee ha maka ọbịa ha lere ya ma nyekwa ha ọgwụ ha ga–eji na–echu ọnya ahụ ruo oge ọ lachara. Ọ ga na–abịakwa na mgbe na mgbe ịhụta otu ihe o mere nwata ahụ si debe ihu.

N'ebe dị ka Etiti Divishon dị n'Okigwe, a dịghị ebi nwata ugwu ebe ọtụtụ anya ga na–ahụ ya. Oge e bichara ugwu ahụ, a na–eji akwa kpụchie ya ka ọtụtụ anya ghara ịhụ ya tụmadu nwanyị dị ime. Nke a bụ n'ihi na ha

kwenyere na ọ bụrụ na nke a emee, ọnya ugwu ahụ ga–ebido gbawakwa ọbara ọzọ, ọnya ahụ agaghị alakwa ọsịịsọ. Ndị Udị na–eji opete atụchi n'ọnụ ụzọ ụlọ e dotere nwata biri ugwu ọhụrụ. A na–edebe ya otu ọ ga–abụ na mmadụ enweghị ike ịbata n'ime ụlọ ahụ na–enefeghị ya. Opete a na–aturụ nsi ọ bụla e jiri bata ebe ahụ nwa ahụ nọ. Ha kwekwara na o nwere ụdị mmadụ ọ na–abụ ha bitụ ụmụaka aka onya ugwu ha adịghị ala ọsịịsọ. Ma ọ bụrụ na a tọchie opete n'ebe ahụ onye ahụ ñefee ya tupu ọ bata ọ na–eme ka ike dị otu a ghara ịdịzị ire. Echiche ma ọ bụ nghọta dị otu a ezughị Igbo ọnụ.

N'ihe dị ka Mbaise, ọ bụrụ na e bichaa nwata ugwu, o nwere ọgwụ onye na–ebi ugwu ga–enye nne nwa ahụ ọ ga na–ete n'ara oge ọ bụla ọ rụrụ ọrụ dị ike. Nwanyị a ga na–ete ya n'akụkụ ara ya abụọ oge ọ bụla o ruchara ọrụ tupu o nyebe nwa ya ara. Nke a ga–egbochi nwa ya ịñụta ahụ mgbu n'ihi ọrụ ahụ ọ rụrụ. Aha ọgwụ a bụ abakala nwa.

Ibi ugwu n'ala Igbo adịghị abụ mmeme ụdị nke a na–esibe ma ọ bụ lụkọba mmanya na ihe ọñụñụ dị iche iche. Ọ bụ nanị ndị nọ nso oge onye na–ebi ugwu na–eri ihe e nyere ya ga–esoro ya rie ihe oriri ma ñụọ ihe ọñụñụ nke a ga–enye ya.

Taa, ihe onye na–arụ ka o ji eri. Onye na–awa nkụ na–ele anya na ọ bụ site n'ịwa nkụ ka ya ga–eji lụọ nwanyị, wuo ụlọ, zụọkwa moto ma zụọ ụmụ ya n'ụlọ akwụkwọ ọ bụla ruo ebe ha chọrọ. Nke a emeela ka ọnụ ihe nile laa elu. Ọ dịghị onye uta dịịrị, n'ihi na dị ka ụmụnne anyị ndị 'Oriental Brothers' si kwuo n'egwu ha, 'Ọ dịghị onye ihe ọma sọ nsọ.' Nke a dị n'otu ihe mere taa, na ọ bụrụ na ị gaa kpọọ agadi nwanyị ma ọ bụ agadi nwoke ọrụ ya bụ ibi ugwu n'ime obodo sị ya bịara gị ibi ugwu ihe ọ ga–agwa gị na ị ga–akwụ bụ dị ka mkpa ego ya si dị n'oge ahụ. Taa, o nwere ebe ha na–ana site n'otu naịra ruo naịra isii ma ọ bụ karịa. Ji ụfọdụ na–amatụ a ga–enye ha

abụghị ihe e ji ọnụ akọ. Ụfọdụ ha anya adịghị mma na-asị nye ha egbene chara acha. Ka o siri dị taa ụlọ ọgwụ na-agbazi ndị na-ebi ugwu mgba okpuru. Nke a mere na a na-ebizi ọtụtụ ụmụaka ugwu n'ụlọ ọgwụ. Nke a na-agbawa ndị na-ebi ugwu obi n'ihi na a siri na a napụ mmadụ ihe o ji ama mma, mma ya a[illegible]. Nke a mere ka ha na-ele ụlọ ọgwụ anya iro na ekworo. Ma onye na-arọ onye kariri ya anya bụ nkịrị ka ọ na-ekiri ya. Ebe ihe a na-afụ nọ pị bụ na ọ dịghịzị nwa Igbo ibi ugwu n'ụlọ na-agụ agụụ taa. Ebe ndị na-ebi ugwu ka na-akpa ngana taa bụ n'ime ime obodo ebe ụlọ ọgwụ adịkwaghị.

N'oge ochie a na-ebi nwoke na nwanyị ugwu. Ma taa, n'ihi ụfọdụ nchọpụta ndị ụlọ ọgwu na-eme, a dịghịzị ebi ụmụaka nwanyị ugwu. Ha sị na o dịghị ihe ebighị ugwu na-egbochi nwanyị kama ọ na-ewetara ha nsogbu ndị dịgasị iche iche. Ụfọdụ na-echekwa na ọ dịghị mkpa ịdị na-ebi ụmụ nwoke ugwu ma ụfọdụ na-asị na ibi nwoke ugwu na-eme ka ọ dị mma ile anya ma nyekwara ya aka ịdị na-edebe onwe ya ọcha.

N'omenala Igbo ọ dịghị ihe a na-awọ mmadụ ọ bụla n'ihi na o bighị ugwu. Ya bụ na a dịghị ele ya anya onye rụrụ arụ dị ka ndị Juu na-eme. Kama, ọ na-abụ ihe ihere nye nwata ahụ tụmadụ ma ọ bụrụ nwoke. Nke a na-eme ka ọ ghara isozi ibe ya gbara ahụ efu oge ọ matawara ihe.

## Ibi ugwu n'okenye

Dị ka anyị matara, ibi ugwu n'okenye bụ emume na-ezipụta na nwata nwoke ọ bụla abụrụla nwoke zuru ezu na mmadụ, ma banye n'otu ụmụ nwoke ga-emenwu ihe ọ bụla. Ọ bụkwa eziokwu na ndị mba dị iche iche na-ebi ugwu na mgbe a mụrụ nwata ọhụụ. Mana o nwere ndị na-ebi ugwu n'okenye. Nke a bụ ka omenala ha si dịrị ha mma bụkwara otu ha si chọọ ya n'ihi na a sị na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Ibi ugwu a n'okenye na-abụ mgbe mmadụ torola okorọbịa ma ọ bụ agbọghọbịa.

N'ebe a na–ebi ugwu n'okenye bụ n'Akagbe na obodo ndị ọzọ gbara ya gburugburu nke dị na Nkanụ Lokal Gọment, n'Ezaa na obodo ndị ọzọ dịkwa ya nso gbara ya gburugburu nke dị n'Abakaliki Local Gọment. N'ebe a, a naghị ekwụta ibi ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị ugwu na nwata ha. Obodo ọzọ naara eme nke a na nwa mgbe gara aga bụ Nike, Nkereefi, dịkwa na Nkanụ. Mana ugbu a, ha akwụsịla ya.

## Usoro ibi okenye ugwu

N'Akagbe a na–ebi ugwu n'ọgbọ n'ọgbọ. Ọ bụ nke a na–eso nwata nwoke ịlụ nwanyị ma ọ bụ nwata nwanyị ịla be di ya. N'ihi nke a, a na–eme ezi nkwadebe maka ya. Nwata nwoke ma ọ bụ nwanyị maara na ọ bụ ihe chere ya n'ihu bụkwara mmiri ruru eru na–agaghị ahapụ izo ezo.

Ibi ugwu ụmụnwanyị na–abụ mgbe ha na–achọ ila be di ha ma ọ bụ ndị enwebeghị di mgbe ha na–achọ irụ mgbede. Nke a pụtara na mgbe nwa agbọghọ na–aba n'iru mgbede a ga–ebi ya ugwu, ya esitezie otu a nọrọzịa banye n'iru mgbede na omenala ndị so ya.

Nke ka pụtakarịa ihe bụ ibi ugwu nwaokorọbịa. Oge a ga–eji bie nwoke ahụ ugwu fọdụ ihe dị ka izu asaa, onye ahụ ga–akwụsị ịrụ ọrụ siri ike, malite riwe ezi nri. Ọ bụ eziokwu na ọ gaghị anọ n'ụlọ ka nwa agbọghọ na–eru mgbede mana ọ ga na–elekọta onwe ya anya nke ọma. Ndị enyi ya, ikwu na ibe ga na–ewetara ya anụ na ihe oriri dị iche iche iji nyere ya aka maka nnukwu ihe a, ọ gaje ime.

Túpu nke a, a ga–aga na dibịa afa chọpụta mmụọ ndị ala ahụ ga–enye nsogbụ; mara ma ọ ga–adịkwa mma. Ọ bụrụ na e nwere ihe ga–egbochi ụzọ a ga–achụpụrụ ya aja, ma ọ bụ gọọkwa arụsi ndị ahụ. Nne na nna nwa ahụ ga–achọkọta ihe nile dị mkpa maka ibi ugwu ahụ. Ihe ndị a bụga agụba, ọgwụ e ji asa ọnya, ute, àgbọ ma ọ bụ barangidi dị mbara dịkwa ike. Ihe oriri na anụ ga–eju eju.

## Ụbọchị ibi ugwu

Ụbọchị a kara aka erụọla. Onye ga–ebi ugwu amarala, dịkwa nkwadebe. Ọ na–abụrụ ya ihe aṅụrị n'ihi na ọ bụ site n'ịgba afa ka e si chọpụta onye ọ ga–abụ. Okorọbịa a ga–ebi ugwu na onwe ya ga–adịkwa nkwadebe n'ihi agha a akara aka anaghị eri nwa ngwụrọ. Ndị nwe ya adụọla ya ọdụ otu ike ha ha. Nke ka nke bụ na ọ bụrụ na onye ahụ emegheribe mgbe a na–ebi ya ugwu, e nwere ike ibe ya isi amụ ya ghara api amụ a ga–ebe.

N'isi ụtụtụ, a ga–esinye mmiri ọku. Mmiri a ka a ga–etinye ụmụ ahịhịa dị iche iche a ga–eji na–asa ya bụ ọnya. Ọ bụ onye ga–ebi ugwu ga–eweta ihe ndị a. Mgbe nke a na–eme ndị okorọbịa ndị ume na–apụ n'isi, ezuola dị njikere ijide nwoke ahụ. Nwoke ahụ ga–apụta, gbara ọtọ dinara n'elu akwụkwọ unere, ledo anya n'elu. Ndị okorọbịa ahụ ga–abịazịa jigide ya n'ala nke ọma. N'otu ntabi anya, onye obi ugwu ga–ehulata baa ya n'agada, kpụpụta apị amụ ya nke ọma, dọọlakwa osisi amụ ya nke ọma wee bepụ apị ahụ. A ga–asanye ọbara nwoke ahụ n'olulu e gwuru egwu dị nso ebe ahụ, were ọgwụ ọnya mechie ya. E jighị ọnụ akọ ụfụ dị ya.

## Ilekọta onye biri ugwu

Ọ bụ ọlụ dịrị ndị nwe onye ahụ ịchọpụta onye ga na–asacha ọnya amụ ahụ. Onye ahụ ga–abụ onye aka ya na–anaghị aba ọnya. Nwoke e biri ugwu ga–anọ n'ụlọ rue mgbe ọnya ya laara. Onye ahụ na–elekọta ya, ga–esoro ya nọdụkwa mgbe ọ bụla iji na–emere ya ihe bụ mkpa ya. A naghị agwa ochi ntị na agha esula. Ya bụ na ndị nwe nwa okorọbịa ahụ ga na–enye ya ihe na–enye ọbara; anụ na azụ na ihe ọṅụṅụ a bụrụ aja.

Mgbe ọnya ahụ lara, nwa okorọbịa ahụ abụrụla nwoke zuru ezu. A ga–eme oriri maka nke a. O nweziri ike ịlụ nwanyị. A ga–ewere ya ugbu a ka otu na ndị bụ nwoke.

## Ole mgbe ka mma ibi ugwu?

Tupu à zaa azịza à, ọ dị mkpa ka e cheta na ọ bụ nanị ụmụ nwoke ka a na–ebizi ugwu ugbu a. Mgbe ibi ụmụ nwanyị ugwu kwụsịrị n'ala Igbo dịtụ anya. Kama a ka nwere ndị okenye nwanyị dị ndụ ugbu a na–ezipụta na e bere ha ugwu. N'itule ajụjụ a a ga–elebe anya n'ụfụ, ahụhụ, ihe na–eso ya na ọdịdị ahụ mmadụ mgbe a dị na nwata na mgbe e tolitere. Dị ka e si chọpụta n'oke ọtụtụ mmadụ na site n'ụzọ ọtụtụ mba si eme, ọ bụ uche ọha na a ga na–ebi ugwu na nwata. Nke a ga–ewepụrụ onye ọ bụla oke uche so ya, ego ọ na–efu, ịkpa oke dị ya tupu mmadụ ebie ugwu.

## Uru ibi ugwu bara

Ibi ugwu bụ omenala. N'ihi ya ọ bụ otu mba si chọọ ya na onye ọ bụla bụ nwoke ga–ebi ugwu, ka o wee mezue ihe kwesịrị. Nke a pụtara na onye ebighị ugwu na a na–ele ya anya ka onye etorubeghị. Na mba ụfọdụ, onye ebighị ugwu agaghị alụ nwanyị. A na–ebi ugwu iji gbanari mkparị, ikọ ọnụ, nleda, ịkpa oke ga–adị n'etiti ndị biri ugwu na ndị na–ebịghị. Ibi ugwu dị mma karịa ebighị ugwu n'olile anya.

# IRU MGBEDE

## Mmalite iru mgbede

Iru mgbede bụ otu n'ime omenala ndị Igbo naara ewu ewu na mgbe gboo. Ọ bụ ihe okpụ burụkwa omenala. Ọ dịghị onye nwere ike ikwu mgbe iru mgbede malitere n'ala Igbo. Ma site na nchọpụta, iru mgbede bụ ihe malitere mgbe ndị Igbo malitere.

Ọ bụghị nani n'akụkụ ọwụwa anyanwụ a ka a na–eru mgbede. Ndị Mbammiri, ndị Yoruba, ndị Bini na ndị Isiti Afrịka na–eru mgbede. Kama amaghị ma iru mgbede si n'obodo ndị a bata n'ala Igbo ka o si n'ala Igbo banye na be ha.

## Gịnị bụ iru mgbede?

Iru mgbede bụ omenala e ji akwadebe nwanyị ruru ogo ịlụ di maka alụm di na nwunye n'ala Igbo. Mgbe nwanyị ruru ogo ịlụ di, a hụ na ahụ amawala ya mma, nne na nna ga–abịa kwadebe ọnọdụ nwanyị ahụ ga–anọ tupu ọ lakwuru di ya. Ọ bụrụ nwagbọghọ nwere nwoke ọ na–adabara ya na ya ịbụ di na nwunye, nwoke ahụ ga–esokwa n'ime nkwadebe ọnọdụ a. N'ebe ụfọdụ e jikwa iru mgbede akwadebe nwoke maka ịlụ nwunye.

## Ebe a na–eru mgbede n'ala Igbo

Ọ dị mkpa ịmata na iru mgbede ezughị Igbo nile ọnụ. Ebe a maara ihe banyere iru mgbede bụ Ọnịcha, Ọka, Nnewi, Owere, Ọlụ, Abịrịba, Ọhaọzara, Abakaleke, Mgbidi, Ọkịgwe na obodo ndị ọzọ dịgasị ha gburugburu. N'ebe dị iche iche a na–eme omenala iru mgbede

n'ala Igbo, a na–akpọ ya aha dị iche iche. N'akụkụ Ọnicha, Ọka, Nnewi na Ọlụ, a na–akpọ ya iru mgbede, n'akụkụ Ọhaọzara, Abakaleke na Ọkigwe a na–akpọ ya ikwe ezi, n'Abịrịba a maara ya ka ịnọ nzụzụ. Omenala iru mgbede bụ otu n'ime omenala bidoro mgbe dị anya n'ala Igbo nke na–ala azụ n'ọtụtụ ebe ugbu a. Mana ebe ụfọdụ dị ka Mgbidi, omenala iru mgbede ka na–agakwa n'iru.

## Ihe jikọtara iru mgbede n'ala Igbo

Nta na imo dị n'usoro omenala iru mgbede abụghị otu n'ala Igbo. Mana e nwere ihe ụfọdụ a ga–asị na o jikọtara omenala iru mgbede. Nke mbụ bụ na oge iru mgbede na–abụ oge ezumike, oge iri ezi ihe oriri na oge ịmụta ihe ụfọdụ kwesịrị na agbọghọ ga–ama tupu ọ laa di. Nke abụọ bụ na iru mgbede n'ebe dum n'ala Igbo nwere oge a na–akpọ ịzụ ahịa mgbede ma ọ bụ ịpụ ahịa ugwu nke na–eweta iru mgbede ma ọ bụ ibi ugwu n'isi njedebe.

## Ihe kpatara e ji eru mgbede

Nne na nna na–eji iru mgbede egosị ịhụnanya ha nwere n'ebe ada ha nwanyị nọ, jikwara ya ekele ya ekele maka ọrụ dum ọ rụụrụ ha oge ya na ha bi. Iru mgbede bụ oge nne na nna ji ahapụ nwa ha nwanyị ka o doo ahụ, buo ibu, maa abụba, wepụtasịa mma nile dị ya n'ahụ nke ga–eme ka ọ gụọ ndị nwoke agụụ. Oge ahụ ka nne na nna ji agwa ọha obodo na nwa ha eruola ogo ịlụ di. N'Ọkpọsị, nwoke ọ bụla ruru ogo ịlụ nwanyị na–erukwa mgbede n'oge ochie iji gosị na ya etoruola ibi ụlọ aka ya. E ji iru mgbede amata nwoke ruru ogo itu utu isi ya nke a na–akpọ akịrịkọ ma ọ bụ takịsị. E ji iru mgbede azọ anya. Nke a pụtara na onye ruru mgbede abụrụla okenye nye onye ọgbọ ya nke na–erubeghị mgbede. Ebe ọ bụla e kere oke, onye ruru mgbede na–ebu ụzọ anata oke tupu o rutụ ndị erubeghị mgbede tụmadị ndị bụ ya okenye site na

chi. A na–atụ anya na nwoke ọ bụla ruru mgbede ga–alụ nwanyị na–etufughị oge; a na–atụkwa anya na nwanyị ọ bụla ruru mgbede ga–alụ di na–etụfughị oge. Nwanyị rusiri mgbede ma ọ lụghị di a mara na azi di agbaala ya.

## Etu e si eru mgbede n'ebe dị iche iche n'ala Igbo

Emume iru mgbede dị n'iche n'iche n'ala Igbo. Ndị ọ bụla nwere ụsòro ha si eme nke ha na aha ha na–akpọ ya.

N'akụkụ Ngwa, Isuikwuatọ, Ọkịgwe, Bende na Arọchukwu ha na–akpọ ya iru mgbede. Emume iru mgbede na–ewe ọnwa atọ. A na–amalite ya n'oge nwata nwanyị ọ bụla tolitere tojuo n'agbọghọ wee zuo ihe e ji nwanyị eme. Oge a ruo, nwa agbọghọ tozurula ga–abanye n'iru mgbede. Ọ ga–enwe ụmụ odibo ndị ga na–agara ya ozi. Ọ gaghị na–emetụkwa ihe ọnụ kpọrọ ọlụ aka. Ọ ga–anọ n'ụlọ mgbede na–eri sọ oriri ụtọ. Nne ya na nna ya ga–eji sọọsọ anụ na azụ na–esiri ya nri. N'obodo ụfọdụ dị ka Mbaise ọ naghị apụta ezi. N'ebe ọzọ dị ka Aguata, Ọkịgwe na Arọchukwu ọ na–apụta ezi na–akpaghari. Ụmụ odibo ga na–akwọ uhie na edo ọ ga na–ete. Ha ga na–edozi ụlọ, na–eme ihe ga na–adị ya obi ụtọ. Ebe ọ nọ na–abụ sọ egwu egwu na ọchị ọchị. Ọlụ onye na–eru mgbede bụ sọọsọ ịdị na–eri nri na–achọ onwe ya mma. N'ebe ụfọdụ nwa agbọghọ a ga na–atụtụkọ ọkpụkpụ anụ na azụ ọ tara mgbe ọ na–eru mgbede.

Oge nwa agbọghọ a nọ na–eru mgbede, a ga na–akụziri ya ka e si ebi ndụ di na nwunye: etu ọ ga–esi na–elebara ezi na ụlọ anya na etu o ga–esi na–elebara ụmụaka anya nke ọma. Oge ụfọdụ ndị nne nwanyị mụtagoro ụmụ na–akpọtara ya ụmụ ha ka ọ na–eledoro ha anya. Nke a bụ iji nye ya nnukwu ọzụzụ n'ebe ilezi ụmụaka anya dị. Ihe ndị a nile bụ iji kwadoo ya nke ọma

maka ndụ ọdịnihu nke a na–atụ anya ọ ga–ebi n'oge eteghị aka.

N'akụkụ Agụata na Ọlụ iru mgbede na–ewekwa ọnwa atọ. Na mbụ na mbụ ọ na–abụ nwata nwa agbọghọ hụ ihe o jiri bụrụ nwanyị ọ kọọrọ nne ya. Bido ụbọchị ahụ, ọ ga–ebido kwụsị ịkpụcha isi ya akpụcha. Ihe a na–akpọ nke a bụ iha isi nwa agbọghọ. Bido oge ahụ ọ ga–ebu n'uche na–enwe nkwadobe maka iru mgbede ya.

Ọ bụrụ na ọnwa e ji eru mgbede ruo, nke a na–abụkarị n'oge a rụpụtasịrị ọrụ, nwa agbọghọ ahụ ga–eje buo mbubu ma ọ bụghị iwu na nwa agbọghọ ọ bụla na–eru mgbede ga–ebu mbubu. N'Abakeleke ọ bụrụ na nwa agbọghọ ebuo mbubu, ọ banye na nsọ. Nwoke ọ bụla agaghị akpakwa ya aka ma ọ bụ gwusa ya egwu. E mesịa nke a nwa agbọghọ ahụ ewee banye n'iru mgbede. Ọ ga–abanye n'ụlọ mgbede. Ọ ga–enwe odibo. Ọ gaghị na–emetụ ihe ọnụ kpọrọ ọlụ aka. Ọ ga na–eri anụ anụ azụ azụ. Nne ya ga na–akụziri ya na–agbaziri ya ihe ọ bụla gbasara obi ezi na ụlọ.

Oge nwa agbọghọ a nọ na–eru mgbede, ndị ụmụ okorọbịa na ndị mmanwụ ga na–abịa kwa ụbọchị ahịa obodo na be onye na–eru mgbede maka inara mbọ ha. Ihe a na–enye ha ma ha rute bụ akụ bekee, ụkpakala ma ọ bụ ahụekere na ọka e ghere eghe. Otu a ka ha ga na–abịa ya kwa ụbọchị ahịa obodo ahụ wee ruo na ọnwa atọ ezuo.

Na Mbaise emume iru mgbede na–ewe onye nna ya nwere ego ọnwa asatọ ma nke onye na–enweghị ego na–ewe otu ọnwa ma ọ bụ karịa. Ndị Mbaise, Abakeleke na Ọkpọsị na–egbu ewu ụbọchị nwa agbọghọ ga–abanye n'iru mgbede. N'Ọkpọsị nne na nna na nwanne nwoke nwa agbọghọ a ga–enye ya otu ewu otu ewu. Ọ bụrụ na o nwere di, di ya ga–enyekwa ya otu ewu. Ewu ndị a nile ka a ga–egburu ya n'oge ọ na–eru mgbede wee siere ya nri. Ndị Mbaise na–eme emume a na–akpọ ịrọ ụkwụ. N'emume a, a ga–akpọta nne nwanyị mụtọrọla ụmụ ma o nwebeghị nwa ya nwụrụ anwụ ka ọ rọọ ya ụkwụ.

Ụbọchị a ga–arọ ya ụkwụ, a ga–esiri nwanyị ahụ nrị. O risịa nri, ọ malite emume ịrọ ụkwụ. Ọ ga–ahịọ nwa agbọghọ ahụ aka n'ụkwụ kwuo sị:

Site tata gaba, ihe ụwa ga–adịrị gị mma.
Ọnwụ di agaghị abịara gị.
Nna agaghị anwụrụ gị.
Ị ga–amụta nwa kuru.
Ụmụ gị ga–ele gị nka.

Na Mgbidi nke dị n'Oru Divishon ihe ha na–akpọ iru mgbede bụ ikwe ezi. Nke a bụ nnukwu omenala ha enweghị ike ikwụsị akwụsị. Ihe ndị ọzọ nwere ike kwụsịchaa mana ikwe ezi agaghị akwụsị. Ndị elu na ndị ala, ndị ụka na ndị bekee agbakatala mbọ ihụ na ọ kwụsịrị, mana o nweghị isi. Nwanyị ọ bụla ekweghị ezi n'ala Mgbidi agaghị enwe mmekọ ọ bụla nke nwoke n'ihe gbasara ịlụ di na nwunye. Nwa agbọghọ ọ bụla na Mgbidi ekweghị ezi kachiri ntị nwee mmekọ ya na nwoke, ọ hụ ihe ọkụ ji ntị oke eme. Ọ bụrụgodu na onye ahụ nọ n'ala bekee ma ọ bụ na onye ahụ gụchara akwụkwọ bụrụ dọkịta ma o kweghị ezi dị ka otu omenala ha siri dị, a mara na onye ahụ ezubeghị ezu na nwanyị. Nne na nna ya agaghị ekebe ya di ma ọ bụ kwere ka o soro di ya laa. Iwu ikwe ezi mabidoro nwa agbọghọ ọ bụla n'ala Mgbidi. Ị bụ onye ama Jeova, ị bụ onye Katọlik, i bụ onye Siemensi, i bụ onye Apostolik, onye ọ sọrọ bụrụ, iwu ikwe ezi mabidoro gị. E meteghị ya na abụ m onye ụka. Ọ bụ ụgwọ adighị mgbanari nke nwa agbọghọ ọ bụla bụ onye Mgbidi ji ndị ala ya.

Na Mgbidi emume ikwe ezi na–ewe izu asaa ma ọ bụ iri ụbọchị abụọ na asatọ nke pụtara otu ọnwa. Ọ na–ebido n'ụbọchị Afọ. Nna nwa agbọghọ ahụ ga–agba egbe otu ike ha ya ụbọchị ahụ iji gosị na ya bụ emume amalitela. Nwata nwa agbọghọ na–ekwe ezi ga–aba n'ime ụlọ a tụrụ a na–akpọ ntugbe. Nke a bụ ọbere ụlọ e jiri igu nkwụ tụọ maka ya bụ emume. Nwa agbọghọ a



Agbọghọ rurula mgbede.

ga–aba ebe ahụ nọọ nwa ntịntị oge wee pụtakwa. Ihe nke a pụtara bụ na nwa agbọghọ ahụ etozuola ibi n'ezi na ụlọ na–elezi ya anya dị ka ndị bụ nne si eme. O si ebe ahụ pụta ọ baa n'ebe ọ ga–anọ wee ruọ mgbede. Ebe ahụ ka ọ ga–anọzị na–eri sọ nri na–edozi ahụ. Ọ naghị eri nri akpụ. Ihe na–ejupụta na nri ọ na–eri bụ sọ anụ na azụ. Ọ ga–enwe ndị odibo ndị ọ bụ ọlụ ha ịdị na–eme ihe ọ bụla ihe ọ chọrọ ka e mee. Ọ bụ ha ga na–ete ya uhie nke na–eme ahụ ya ka ọ na–akwọ mụrụmụrụ.

Ọ bụrụ na nwa agbọghọ ahụ enweela onye chọrọ ịlụ ya, di ya ahụ ga–esoro ya ruo mgbede. Ọ ga–eso na–eri anụ anụ azụ azụ na oriri ụtọ ndị ọzọ nke a na–esiri ya.

Ndị mmadụ ga na–abịa ụbọchị Nkwọ ọ bụla na be onye na–ekwe ezi. Ụbọchị Nkwọ ọ bụla, a ga–esi nri a ga na–enye ndị mmadụ. Etụ a ka a ga na–eme ya wee ruo ịrị abalị abụọ na asatọ. Ụfọdụ n'ime nri a na–enye ha ụbọchị ahụ bụ akụ bekee na azụ. Onye ọ bụla bịara n'ebe a na–ekwe ezi ga–anatarịrị akụ bekee na azụ.

## Ekike onye na–eru mgbede

Onye na–eru mgbede na–eyi jigida ma ọ bụ asị n'ukwu. Ọ na–agbara ọla ma ọ bụ ǹja n'ụkwụ na n'aka. N'ebe ụfọdụ ọ na–anya àkà n'olu. N'Abakeleke onye ahụ na–agbara ọdụ enyi n'ụkwụ na n'aka. Onye na–eru mgbede na–ede uri na nkịrịsịala. N'Agụata ọ na–ekpu ihe a na–akpọ isi ego ma ọ bụ isi okpoko n'isi. Nke a na–abụ ihe a kpụrụ akpụ tụnyesịa ya ego ayọrọ na ego igwe. I lee ya anya ọ dị ka isi nnụnụ a na–akpọ okpoko ma ọ dị ka ihe na–adị oke ọkpa n'isi nke a na–akpọ arụ ma ọ bụ ere ọkụkọ. N'Ọkpọsị ọ na–apịa eze ya apịa tụọkwa nki n'ihu ya. Ihe onye na–eru mgbede ji etecha ahụ ya bụ uhie na edo, na–ata atụ na–eme ka ọnụ na–acha mmee mmee nke a na–akpọ atụ lọọvụ ugbu a.

Ihe onye na–eru mgbede ji emegharị ahụ bụ egwuregwu a na–akpọ ikpọ ọkpọ na ọga na egwu ndị ọzọ

dị iche iche na ikpọ ode bụ nke e ji mbubo e bepụrụ isi abụọ. Ọ na–egwu ya ọ na–agụ sị:

> Kpa mkpachịghịchịghị
> Kpa mkpachịghịchịghị
> Nwa ngwere na–agba nkwa n'udu mmiri
> Ọkọchị kọ n'ala, ike akpọọ ya nkụ
> Kpa mkpachịghị chịghị chịghị chịghị chịghị
> Kpa mkpachịghị chịghị chịghị chịghị chịghị.

Ọ na–agụ ya ọ na–ayọ ọkpọ ahụ o ji n'aka, mkpụrụ dị ya n'ime a na–ayọtụ chaghịrị, chaghịrị, chaghịrị.

Ị hụ onye ruru mgbede mma ya apụta ihe. Ahụ ya ana–egbu kwọrọ kwọrọ na–atụ puñe puñe, na–acha resụ resụ na–ama nwoke ọ bụla hụrụ ya ahụ jijiji na–adọkwa ya akpịrị.

## Ime okwa onye erughị mgbede

N'Abakeleke ọ bụ site n'afa ka e si ama ụdị ugwu a ga–ebi nwa agbọghọ ga–eru mgbede. O nwere ike bụrụ ugwu udu mmiri ma ọ bụ ugwu ọkọchị. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ ahụ a tụrụ ime n'oge e bibeghị ya ugwu, nne ya na nna ya ga–achụ aja we metuo obi mmụọ na mmadụ dị n'ala ha. E mesịa nke a, a ga–ebi nwa–agbọghọ ahụ ugwu n'ama.

Na Mgbidi, nwa agbọghọ ọ bụla ekweghị ezi tụọrọ ime bụ onye rụrụ arụ. Nne ya na nna ya ga–eme ihe ịkpu arụ. Ha ga–egote ewu iri na ji narị ise were kpụọ arụ wee metuo iwe mmụọ na mmadụ nke ala ha. A ga–achụpụ nwa agbọghọ ahụ n'obodo. O nwere ike ịga obodo ọzọ biri. Nne ya ga–ewere azịza zachaa be ya iji gosị na ya azachapụla nwa agbọghọ ahụ na ụkpụrụ ya nile n'ụlọ ha. Ọ bụkwaghị nwa ha ọzọ. Ọ bụrụ na nwa agbọghọ a akachie ntị bata n'obodo ahụ ọzọ, ndị obodo ahụ ewere okwute tụgbuo ya. Omenala a siri nnukwu ike n'ala Mgbidi ruo oge a.

N'obodo ndị ọzọ, anaghị achụpụ nwa agbọghọ mere otu a achụpụ kama ọ na–abụrụ onye tụọrọ ime dị otu a ihe ihere. Ndị ụmụ agbọghọ ibe ya ga na–ekpe ya ikpem. Ihere ga–ejide ya. Ọ ga–ala be nne ya sụkpuru na–eche ụwa ya. Omume dị otu a na–enye nwa agbọghọ akara ọjọọ ndụdụgandụ ya nile na–enyekwa ezi na ụlọ o si na ya ajọ aha nke na–adị ọkpụtọrọkpụ.

## Ịzụ ahịa mgbede

### Gịnị bụ ahịa mgbede?

Ịzụ ahịa mgbede bụ ahịa a na–azụ ụbọchị ụmụ agbọghọ nọ na mgbede ma ọ bụ na–eru mgbede na–apụta n'ụlọ mgbede. A na–eme ka ụbọchị ahịa mgbede daba n'ụbọchị ahịa ndị obodo ahụ ụmụ agbọghọ ha na–eru mgbede, kama na ahịa nke ụbọchị ahụ na–apụ iche n'ahịa ndị ọzọ a na–azụ n'ala ahụ.

Obodo ọ bụla na–eru mgbede na–azụkwa ahịa dị n'iru mgbede. Ọ bụ ahịa a na–azụ iji gosị ma ọ bụ cheta ụbọchị nwa agbọghọ pụtara na mgbede, ka ọ ghara ịdị onye ga–enwe uche abụọ ma ọ bụ rụwa ụka na agbọghọ dị otu a erubeghị mgbede na ndụ ya.

### Njikere ahịa mgbede

Mgbe nwa agbọghọ nọ n'ụlọ mgbede nke ga–ewe ya ọnwa atọ ma ọ bụ isii dị ka ebe dị iche iche n'ala Igbo na–eme, mgbe ndị mụrụ ya ma ọ bụkwanụ onye ga–alụ ya na–azụ ekwu na emume (ngwongwo na ngwongwo) na–enye ya ka ọ na–eri, na–aghụ, na–ete, na–ama abụba, ha ga–echetakwa ma na–ejikerekwa maka ịzụ ahịa mgbede. Ụzọ ha si eme nke a bụ ikwanyere ikwu na ibe, ikọ ọma na enyi ọma ugwu site n'ịgwa ha ụbọchị ga–abụ ahịa mgbede; izi ha ka onye ọ bụla n'ime ha jikerekwa bịa duo nwa agbọghọ ahụ ahịa. Dị ka e kwuru na mbụ, ọ bụ ezie na onye ọ bụla a mụrụ n'ala ga–ama ụbọchị ga–abụ ahịa

mgbede n'ihi na ọ dị n'otu ihe e ji agụ afọ, ma a na–ezi ndị a iji kwanyere ha ugwu dị ka ndị Igbo si eme.

Ihe ọzọ nne na nna ga–eme bụ ịzụtara ma ọ bụ rịọtara nwa ha asị, ma ọ bụ mgbaji ma ọ bụ jigida ebe ọ dị ukwuu. A na–ama nne na nna ya ji aka site n'otu ọyọrọ asị ma ọ bụ jigida ọ wọ n'ukwu ha.

O were ewu na okuko anya na ihe ndị ọzọ dị ka nkasịala ma ọ bụ ede ala na uri ọ ga–ede ede ga–adị, onye ọkachamara n'ihe gbasara nka dị n'ide uri a anọkwara chịm, jikere ịza mgbe ọ bụla a kpọrọ ya.

A ga–azụkwa anụ nke ukwuu, ma ọ bụ gbuo ewu e ji esi erimeri ụbọchị ahụ, zụọ ji na azụ na nta na imorokoro e ji eme emume n'ala Igbo. N'obodo ụfọdụ dị ka Achịna dị n'Aguata, a ga–egburịrị ewu gbara agba, maakwa abụba nke bụ na a ga–ehepụta abụba ya ahụ ehepụta e ji aga ahịa ụbọchị ahụ. Mgbe nne na nna jikeechara ma ọ bụ kwadochaa ihe ndị a, mgbe ahụ ahịa mgbede agbaala, o ruola mgbe onye gburu agụ ji apụ ahịa.

## Ụbọchị ahịa mgbede

Ụbọchị a kara aka ruo, ya bụ ụbọchị ahịa mgbede, bịanụ lee nga nkụtụnkụ na–akụ n'ezi ọ bụla nweere nwa agbọghọ ma ọ bụ ụmụ agbọghọ na–apụ ahịa mgbede. Ikwu na ibe ezuola, iko ọma na enyi ọma abịala, ha na ụmụ agbọghọ ndị ọzọ na–adịghị mgbede ha na–eru, ndị ọrụ ha bụ inyere onye na–erụ mgbede aka isi nri na idu ya ahịa. Isi nri ebido ozugbo, ndị na–echu mmiri na–echu, ndị na–asụ ose, azụ, egwusị na ihe ndị ọzọ ana–asụ, ikwe ụtara ana–ada kotom kom kom, ụmụaka ana–aza ezi na ama, edozi ebe ndị ọbịa ga–anọ. Mgbe e sichara nri, ndị ọbịa ebido bịawa, nri e siri esi, anụ, ugbaka (ụkpaka) ebido gawa ije ya, ndị na–anụ mmanya n'obi nna nwe ụlọ anọrọ na–atụla isi azụ. A ga–emegide ihe a tutu ehihie agbaa.

Ehihie achaala, ndị bịara ahịa na ndị bịara nanị maka ilele ụmụ ọma si na mgbede apụta ejula ahịa, egwu

adawala aghara aghara n'ezi na ụlọ dị iche iche ndị mgbede nọ. Ọ bụ ụmụ agbọghọ na–agụ egwu a nile ha ji edụpụ onye ha ha–eru mgbede ahịa.

## Agbọghọ mgbede agaa ahịa

Tupu agbọghọ ọma a e du aga ahịa apụta ijewa ahịa, ọ ga–asa ihe a kpọrọ ahụ uri na nkasiala ma ọ bụ ede ala o dere n'ahụ ana–egbukesi, ahụ ya ana–akwọ mụrụ mụrụ ka akpụkpọ igwe. Ọ dighị nwoke ọ bụla hụrụ ya ahụ aghara ịmawa ya pepepe. Jigida ma ọ bụ mgbaji ahụ nile a zụtara ma ọ bụ a natachaara ya eju ya ụkwu. Ọla ntị na nke olu ya na–abụ anya bịa lele. N'ebe ụfọdụ a na–agbakwa ọla na–ada ụda n'ụkwụ abụọ e ji agba egwu. Ọ bụkwa otu a ka ụmụ agbọghọ ndị ọzọ na–edu ya ahịa ga–esikwa jikwaa onwe ha. Eziokwu e lee ha anya, ha anaghị adị ka ha bụ ndị a mụrụ n'ala ahụ.

Onye na–apụ ahịa mgbede anaghị eyi uwe n'ahụ, ọ na–agbawa ahụ ya ọtọ; sọọsọ n'ukwu ya ka a ga–ahụ akwa; akwa ahụ ọ ma ga–akwụsị n'ikpere. Ọ bụ eziokwu na ha anaghị eyi uwe aga ahịa a, ma akpụkpọ ahụ ha kariri uwe ọ bụla mma. N'ebe ụfọdụ dị ka Achịna dị n'Agụata, ha anaghị eyitụdị akwa n'ahụ, ha na–agba ọtọ chaharara ma ihu ma azụ, were sọọsọ mgbaji ukwu wojuo ukwu ha. Ihe e ji eme nke a bụ ka e leruo ha anya nke ọma mara ma ọ dị onye n'ime ha dị ime bịawa ịpụ ahịa mgbede. Ọ bụ arụ ma ihe dị ọtu a mee. Ịdị ime tupu abawa ma ọ bụ ruwe mgbede bụ nsọ nke mere na ndị Mgbidi dị n'akụkụ Ọlụ anaghiri achọ ka nwa ha nwanyị mara nwoke tupu o ruwe mgbede. Nke bụ na ọ ga–eruriri mgbede tupu ọ na–alụ di ma ọ bụ eme enyi. Mgbe nwa agbọghọ a jikwachara, ụmụ agbọghọ ibe ya etiri egwu ha pụwa ahịa, ndị ọ bụla na–esite n'ogbe ha kụrụ egwu nke ha pụtawa ahịa. Ikwu na ibe ọ bụla na–ejikekwara sọrọ ụmụ agbọghọ nke ọnụmara ha jewe ahịa. Ha na–eme nke a iji nye ha obisike, ya na igosi na onye na–apụ ahịa mgbede nwere mmadụ ndị kwụ ya n'azụ.

N'obodo ụfọdụ ebe a na–egburu agbọghọ pụje ahịa ewu mara abụba dị ka e kwuru na mbụ, a na–ewere ọyọrọ abụba ahụ na–esighị esi, gịị ya n'osisi, buru ya ka ọkọlọtọ pụwa ahịa. E ji nke a egosị ụdị ewu e gburu agbọghọ a maka ịpụ ahịa mgbede ya. A na–esikwa anụ ewụ ndị ọzọ esi burukwa gawa ahịa. Anụ a ka a ga na–ebenye onye ọ bụla nyere ya ego ka ọ na–ete egwu, ka ọ were metụ ọnụ mmanụ mmanụ.

E ruola n'ahịa, egwu asụkpọwala, ọnụmara ọ bụla n'ọgbọ egwu nke ha. Mmadụ amaghịkwa ama nke ọ ga–ele ghara ibe ya. I lee ndị mgbede anya n'ahụ, ọ na–akwọ mụrụ mụrụ ka e huru ha ọkwụrụ n'ahụ. Ndị mmadụ, ikwu na ibe, iko ọma na enyi ọma ana–agbara ha ego. E bukwa afere ma ọ bụ ọba e ji awụnye ego nile ahụ ka ndị mmadụ na–ahụ ya anya were mara otu onye ọ bụla n'ime ha si nwee mmadụ, ebube na nsọpụrụ.

Mgbe ihe ndị a na–eme, ụmụ okorọbịa alụbeghị nwanyị anọkwaranụ n'otu akụkụ na–akpịnyere ụmụ agbọghọ ndị a na mma ha anya, na–achọkwanụ ndị enwebeghị di, ndị mma ha pụtara ihe n'ụbọchị ahụ ka ọ ga–abụ a gbachaa egwu, ha aga hụrụ.

## Ụmụ agbọghọ mgbede alọta ahịa

Oge e tigidere egwu a, lekata anya, chi jiwe, ike gwụ ndị mmadụ, ihe ọzọ a ga–eme bụ ndị egwụ ijikere ula. Ndị egwu akwakọrọ nta na imo ha, gurụkwa lawa dị ka ha siri bịa. Ndị bịara ile anya akọrọ akụkọ ihe ha hụrụ lawa. Ụmụ okorọbịa akọrọ akụkọ ndị mara mma ha getere ha ga–alụ ma ọ bụ mee enyi lawakwa nke ha. Obodo ana–ekpọ ọkụ. Ndị okenye anọrọ na nke ha na–atụle ma afọ nke ahụ ọ ka ikpe ọkụ karịa afọ ndị ọzọ gasị.

Mgbe e rutere ụlọ, nke bụ ebelebe egbuwenụ, ndị ọbịa ndị sooro ndị ahịa lọta ebido kwariwe ihe ndị ahụ e siri esi nke e rifọrọ gawa ahịa. Abalị akwụrụ ụzụ oriri na ọñụñụ ana–atụ n'ọnụmara ọ bụla ndị mgbede pụrụ ahịa nọ. Obi ana–atọ nne na nna, tinyekwara di nwa agbọghọ

ahụ, a na–ekwe ndị mụrụ ha n'aka, na–aja ha n'ihe ukwu ha mere – a hụla ọkpụkpụ anụ dị iche iche nwa ha nwanyị tara ka ọ nọ na mgbede, hụkwa–anụ ka ewu e gbuuru ya ha, ya na njikwa ọma e jikwara ya. Ọ dị egwu!

Mgbe abalị gamiere, ndị bịara oriri alaala, ụmụ agbọghọ bịara ije ozi edozisiala ihe e ji mee emume; nwa agbọghọ ruru mgbede erie nri, gaa izu ike nke ya. Ụka ebiela. Site n'echi ya, ọ dịkwa ka ibe ya, kpaghariwakwa ka nwanyị ọ bụla ọzọ nọ n'obodo.

Ma n'obodo ụfọdụ, n'abalị ahụ kwa ka agbọghọ nwere di, nke rukwara mgbede ga–ala ebe di ya. N'ebe ụfọdụ, onye ruchaa mgbede, ma o nwere di ma o nweghị, ma ọ lara ebe di ya n'abalị ahụ ma ọ laghị, ọ pụọla n'agbọghọ. Ọ bụrụ onye ụchụ dị gbara, ndị nwe ya nwere ike rụtara ya ụlọ n'ezi nna ya ka o biri. N'ebe ụfọdụ, a naghị ekwe ka ha bikwu nna ha n'otu ezi kama a na–arụrụ ha ụlọ ebe ọzọ, ha esi ebe ahụ na–abịa abịa.

## Uru iru mgbede bara

Ndị Igbo dị ka anyị maara bụ ndị na–adịghị azụ ahịa uru adịghị. Ya mere iru mgbede a ha na–eru nwere ọtụtụ uru ọ baara ha.

A na–eme nke a izipụta na nwagbọghọ etoruola ịla di. Ọ ga–enwekwa ike ibi n'ụlọ nwoke. O toruola ihe e ji nwanyị eme. Ọ bụ ụmụ agbọghọ na ụmụ okorọbịa n'ebe ụfọdụ na–eru mgbede. Oge a nwanyị a ga–anọ n'ime ụlọ na–eri ezigbo nri e ji anụ na azụ sie. Ha agaghị arụ ọrụ ọ bụla. N'ichi nke a ahụ ga–adị agbọghọ ahụ ezi mma. Nke a bụ otu n'ime uru a na–erita n'iru mgbede. Ọ dịghị ihe ọ bụla e leziri anya anaghị adị mma. Nke a ga–eme ka ahụ ya dị pọkọ pọkọ. Ọ bụrụ onye nji, nji ya ga na–aha mmanụ dizie ka ihe e ji ahụ uzo. Ọ bụrụ onye dị ọcha, ọcha ya ga–edere edere. A na–ekwu sị na ihe ọma na anya gbara ndụ. Mgbe ahụ nwagbọghọ a dị otu a, ọ ga na–agụ di ya agụụ ma ọ bụrụ onye lụrụla di. Ọ bụrụ onye

alụbeghị di, ọ ga–eme ka ụmụ nwoke ndị na–alụbeghị nwanyị lewe ya anya ọlụlụ.

Nne na nna na–eji oge a eziputa ndị mmadụ na nwa ha etoola, Ọ bụrụ na ihe dị otu a adịghị echeghị na a gara enwe ohere ọma dị otu a iji iziputa nwanyị n'ọha.

Nke ọzọ oge a bụkwa oghere e nwere n'ịzụ nwanyị maka nkwadobe ọlụlụ di na nwunye. Ụmụ nwanyị ndị lụrụla di na ndị otu nne ya ga na–abịa akọrọ ya ma ọ bụ akụziri ya otu e si alụ di na nwunye. Ebe ọ bụ na ọ bụghị egwu a chị ụtaba n'aka agba, ha ga na–agbalị ịkọrọ ya otu e si eme ka obi na–adị nwoke mma, otu e si ebi n'udo site n'inwe ndidi, otu e si eme ka ụlọ na–adị ọcha, otu ya na nne di, nna di, nwunye di na ụmụnne di ga–esi na–ebi, otu e si elekọta ọbịa. Ha anaghị echefu otu e si elekọta ụmụaka n'ihi na ha maara ihe ga–eso ọlụlụ ahụ n'azụ. N'ebe dị ka Abịrịba ha na–ekutere nwagbọghọ ahụ ụmụaka ole na ole ka o legide anya mgbe ha na–aga ọrụ. Ụfọdụ anaghị enye ha nri. Ọ bụ ọrụ nwagbọghọ ahụ ilekọta ha ruo mgbe ha lọtara. Nke a bụkwa ụzọ e si azụ ha n'ihe ha na–aga ịba n'ime ya.

Ọzọ, oge ọ nọ na mgbede a ka ọ ga–enwe oghere chee echiche gbasara ihe ọ na–aga ịba n'ime ya. Ọ ga–akwadowe onwe ya maka ahụhụ na uru dị n'ime ya. Ebe ọ bụ na o nwebeghị oghere dị otu a maka oke ozi ọ na–eje, ọ ga–ejizi oghere a chee echiche maka ndụ ọhụụ ahụ.

N'ebe dị ka Azụmmiri dị n'Ụkwa Divishọn, iru mgbede na–abụ ihe dị ka ikike ma ọ bụ oghere nwanyị nwere inwe mmekọ ya na nwoke ma o ruchaa mgbede. Ọ bụrụ onye mụtara otu nwa ma nwa ahụ bụrụ nwanyị n'ihi ya ọ chọghị ka ọ gaa di, ọ gaghị aga tụta ime ma ọ bụ nwee ike ya na nwoke emekọọ ma o rubeghị mgbede. Ọ bụrụkwa na nwagbọghọ atụta ime, ọ gaghị abụ oke ihe ịkọ ọnụ ma o ruchaa mgbede ma ọ bụrụ onye na–erughị mgbede a ga–eme ya ihe ihere dị iche iche.

Nke ọzọ, iru mgbede na–eme ka ụmụ agbọghọ na–

eme ezigbo ụma ka nne na nna ha wee nwee ike ruoro ha mgbede. Ezigbo ụma ga–eme ka nwoke bịa lụrụ ha ọsịịso wee ruoro ha mgbede. Ọ na–ezipụta ịhụnanya nne na nna nwere n'ebe nwa ha nwagbọghọ nọ. Ha na–ejikwa ya ekele ha maka ozi nke ha na–enyere ha aka na–eje. Ọ bụrụ nwanyị na–amaghị mma ukwuu, nne na nna na–eme nke a iji mee ka ọ dị mma karịa. Ọ na–abụrụ ha oge ezumike.

Iru mgbede na–enyere nwoke oghere inwe nkwadobe maka nwanyị ga–abata n'ụlọ ya. Ọ ga–akwadobe ezi na ụlọ ya ma kwadobekwa obi ya dị ka nwagbọghọ mere maka ndụ ọhụụ ahụ. Nkwado obi a ga–eme ka udo dị n'etiti ya na nwunye ya karịa ịba n'ime ya na–enweghị nkwadobe ọ bụla.

Iru mgbede na–etinye aka ime ka obodo dị mma ghara ire ure site n'omume ọjọọ dị n'obodo. Nwoke a agaghị eche echiche ya na nwunye ya inwe mmeko ọ bụla tutu ọ pụta na mgbede n'ihi na nke a mee o nwere ike tụrụ ime. Mgbe ọ tụụrụ ime, ihere agahị ekwe ya pụta ịzụ ahịa mgbede. Ọzọ, nwanyị tụụrụ ime tupu oge ọ ga–aba na mgbede ọ mara na nke ahụ akwaala ya. Nke a mere nwanyị ọ bụla na–agbalị idowe onwe ya nsọ tupu oge ahụ ọ ga–eru mgbede ka ọ mee dị ka ibe ya mere.

N'ebe dị ka Abịrịba ụmụ agbọghọ a ga na–ama awa aga mmiri asa mmiri oyi. Ihe ha ji eme nke a bụ ka ọ mara ha ahụ n'ihi na ọ dịghị onye maara ụdị ebe ọ ga–aga di. O nwere ike bụrụ ebe isi mmiri ọkụ bụ okoro ma ọ bụ oke ihe ka ọ dịla onye ahụ ka ihe. Ụfọdụ n'ime ha na–aka ihe n'afọ izipụta na ha ga–edinwu ihe ụfụ dị n'ọmụmụ nwa. Ụfọdụ na–enweghị ezi ohere ka a ga–akọwa nke ha izipụta ntachi obi. Ọ dịghị oge ọzọ a na–eme nke a.

N'ebe dị ka Abakeleke, ọ bụ oge ahụ ka a na–ebe nwaghọghọ ugwu izi na o toola ihe e ji nwanyị eme. Ya mere iru mgbede baara ha uru n'ụzọ dị otu a. N'ebe ụfọdụ n'ala Igbo nwanyị ọ bụla a agaghị enwe ike ichi echichi ọ bụla ma o rubeghị mgbede.

## Ihe mere iru mgbede jiri na–ala azụ

Iru mgbede so n'otu n'ime omenala lawarala azụ n'ala Igbo. Ọ dị ọtụtụ ihe mere omenala a jiri na–ala azụ.

Ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala anyị baara anyị uru ma gbuọkwa anyị n'ebe ụfọdụ. Ọbịbịa ụka so n'ihe mere omenala iru mgbede jiri na–ala. Ihe ahụ bụ ihe a na–akụziri ha gbasara otu e si elekọta ezi na ụlọ ka ndị ụka bịara na–akụzi. N'akụkụ Owere e nwere ebe dị otu a n'Egbu. Onye ọ bụla bara n'ụka mgbe ahụ ga–eziga nwunye ya n'ebe ahụ a na–azụ ha n'Egbu. A na–akụziri ha otu e si agụ akwụkwọ nsọ na otu e si elekọta ezi na ụlọ ime ya ka ọ dị ọcha, ilekọta ụmụaka na ihe ndị ọzọ. Ndị si na Mbaise na akụkụ obodo ọzọ gbara Owere gburugburu na–abịa ebe ahụ maka ọzụzụ ahụ. Ebe ọ bụ na e nwetala ihe dị otu a, iru mgbede wee na–ala azụ.

Site n'ịgụ akwụkwọ, ụmụ agbọghọ emepeela anya nke mere na ọ dịghị onye ọ bụla nke ga–ekwe ịbịa ruru mgbaji ma ọ bụ jigida wee pụta izụ ahịa mgbede. Ọ bụrụ na onye gbalịa nọọ mgbede, ihere agaghị ekwe ya gbara ọtọ pụta n'ihu ọha bịa na–agba egwu ka a bọ ya ego na onyinye ndị ọzọ.

Ugbu a ọ bụ n'ezie na ego dị karịa mgbe ochie ma ego a adịghị ihe ọ na–azụpụta n'ihi oke ọchịchọ nke ndị na–ere ụfọdụ ihe ndị a. Ya mere ndị mmadụ na–enwe ọtụtụ ihe ha ji ego eme. Ego anaghị ezuru ha nke ihu nke a ga–abịa were na–enye otu onye nri ruo ọnwa atọ, isii, ma ọ bụ afọ dị ka ndị si eme. Ndị bụ ndị a na–emere anaghị enwecha oghere ịbịa nọdụ ruwe mgbede. Ụfọdụ nọ n'ọrụ ndị ọzọ na–agụ akwụkwọ. Onye ọrụ ma ọ bụ onye akwụkwọ agaghị ahapụ ihe ọ na–eme bịa nọọ otu afọ na–eri nanị nri. Site n'ihe ọ bịara ọhụụ batara n'obodo anyị nke na–eme ka ụwa dịtụ mfe, ọ dịkwaghị ebe ụmụ agbọghọ na–esi ewepụtụ ihe nile ha riri nke dọkọọrọ ha n'ahụ tụmadị n'akụkụ Afrika ebe a na–erikarị nri na–enye ume na–ebukwa mmadụ ibu. Ndị mgbe ochie ahụ na–aga ubi, nkụ, ahịa, agba mgba. Ihe ndị a na–eme ka ha dịkwa otu

ha dị na mbụ ma ha nọchaa na mgbede. Ndị ugbu a anaghị emesikwa ihe ndị a ike kama onye chọọ ịga n'ogwe asụ e were moto buru ya gaa. Ha chọchaa ụzọ ha ga–esi eme ka ahụ dị ha ferefere ha ebido kwụwa agụụ ma ọ bụ hapụwa nri ndị a na–eme ibu.

Uhie na odo a na–ete mgbe nwagbọghọ nọ na mgbede bụ ihe na–enye aka ime ka ahụ ya dị mụrụ mụrụ. Ọ dịghị nwagbọghọ ugbu a ga–ekwe bịa nọdụ ala na–ete uhie otu afọ. Ụfọdụ ga–asị na ọ ga–emebiri ha uwe. Ọzọ e wepụtala ihe ndị ọzọ e nwere ike ite n'ahụ ka ahụ dị mụrụ mụrụ otu ahụ ọ na–adị mgbe a nọ na mgbede. Ebe a a na–agụ akwụkwọ na ebe a na–arụ orụ nyere oghere maka ịnọ tee ihe ndị a.

Sitekwa na mmepe anya a ụmụ agbọghọ na ụmụ okorọbịa anaghị anọkwa n'obodo ha. Ọtụtụ na–apụ n'obodo ukwu ebe ihe nile na–eme ka ndụ na–atọ dị. Nke a mere na ọ dịghị onye na–anọ n'ụlọ nke iruwe mgbede. N'akụkụ nke ọzọ ndị okenye bụ ndị a ga na–ajụta ụzọ e si eme ihe ndị a mgbe ochie, ebe ọ bụ na e deghị ihe ndị a ngwa ngwa, anwụchawala. Ọtụtụ n'ime ndị a a na–eme ugbu a bụ ndị a gwara aka. Mgbe ụfọdụ ndị na–apụ n'obodo ukwu na–akpọrọ ndị okenye a pụọ nke mere na o nweghị onye a na–ahụ ijụta ihe.

Nne na nna na–eji ya ekele ụmụ ha na nrube isi ha rubeere ha ma ugbu a ha na–ewe ịzụ ha n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ imere ha ihe ọzọ na–anọchita anya nke ahụ n'ihi na ha na–atụfukwa ego buru ibu n'ụlọ akwụkwọ.

Echere na nke ikpe azụ na nke kacha ukwuu mere omenala a jiri na–ala azụ ugbu a bụ na ndị Igbo ejighị ihe ha kpọrọ ihe. Ndị ọcha a bịakwara n'obodo ọzọ dị ka ha bịara n'ala Igbo ma ndị ọzọ ahapụghị omenala ha tụmadị ndị na–enweghị ihe ọjọọ dị ka igbu mmadụ dị n'ime ya. Ndị Kalaba na–eme nke a ruo echi ma ha hụkwara ndị ọcha. Ndị Yoruba jisiri omenala ha ike. O kwesịla ka anyị were ihe anyị kpọrọ ihe tụmadị ndị dị mma ma mezie ebe na–adịghị mma.

## Echiche maka iru mgbede ugbu a

Ọ dị mma ileba omenala a anya wee mara ma a ga–ahapụ ya ka ọ laa kpam kpam ma ọ bụ na o kwesịrị ka a malitekwa ya.

N'ịsa ajụjụ nke a, ihe mbụ a ga–amata bụ na omenala bụ omenala. Ọ bụ nkụ dị na mba na–eghere mba nri. Onye hapụ ikọ ji ya ọ ree n'ọba n'ihi na ọ bụ mgbe a kọrọ ya ji a na–abawaye ụba. Ndị Igbo kwesịrị ịma uru ọ bara idote omenala ha n'ihi na ọ bụ omenala na–ezipụta ihe metụtara obodo, obibi ndụ ha, ụma ha, nri ha, ebe ha si pụta na ihe ndị ọzọ. Ma a bịa n'iru mgbede, echiche m bụ na o kwesịrị ka ọ na–aga n'ihu ma gbanwee ihe ndị na–adịghị mma n'ime ya.

Ihe mere m jiri sị ka ọ gaa n'ihu bụ na e lee anya n'obodo anyị taa, a ga–ahụ na obodo anyị na–ada ebe ọ dị ukwuu n'ihe gbasara omume ọma nke ka nke ihe gbasara mmekọ nwoke na nwanyị. E meela ọtụtụ ihe ịkwụsị ya ma o nweghị isi, ebe ọ bụ na iru mgbede soro nke a ọ ga–adị mma ma ọ gawa n'ihu.

A ga–agbanwe ihe ụfọdụ dị ka ịgba ọtọ ma na–ama akwa ma ọ bụ ihe ọzọ nwere ike imechi ọtọ wee na–apụta ahịa mgbede. Ọzọ, ebe ọ bụ n'ebe ụfọdụ a naghị ahụ ya anya, ọ ga–adị mma ka a na–ahutu ya ma ghara ịnọ ka onye mkpọrọ. A ga–ahụ isi nke a ma ọ bụrụ na onye ọ bụla etinye aka chọwa ewu ojii ahụ mgbe chi ka dị.

# IGBU ICHI N'ALA IGBO

## Ihe bụ igbu ichi

Ichi bụ akara ma ọ bụ egbugbu pụrụ iche ụmụ nwoke na–egbu n'ala Igbo. Igbu ichi abụghị mmemme pụrụ iche n'onwe ya, nke ọ na–abụ echichi. Mana ọ bụ ihe dị mkpa n'akụkụ ala Igbo dị iche iche maka echichi ụfọdụ ga. Emume ma ọ bụ echichi ụfọdụ dị ka ichi ọzọ ma ọ bụ atako, mmadụ enweghị ike ime ha beelụ sọ ma onye ahụ o gburu ichi. Nke a mere igbu ichi jiri dị mkpa ma ọ bụghị echichi n'onwe ya.

Ọ bụghị iwu na onye ọ bụla nọ n'obodo a na–egbu ichi ga–egburịrị ichi. Mana ọ na–abụ ọ masịrị ya ọ guba anya. E wezụga ichi echichi, igbu ichi n'ala Igbo n'oge gboo na–etinye mmadụ n'ọkwa pụrụ iche. Onye ahụ na–adịkwa elu, nwee ugwu na nsọpụrụ n'obodo. Ọ na–egosị na onye ahụ bụ dike, bụrụkwa dimkpa, n'ihe ọ ga–eme n'ọdịnihu, n'ihi na ọkụkọ ga–agba oke na – ebido n'eju.

Ọ bụghị mmadụ nile n'obodo ana–egbu ichi na–enwe ohere igbu ichi. Mmadụ nile bụrụchaa mmadụ mmadụ e were mmadụ mee gịnị?

Nke a pụtara na osu anaghị arọ nrọ ichi, nke ofeke na–esite isisi ichi. Ọfeke na–ekwute maka igbu ichi mara na ichi abụghị egwu achị ụtaba n'aka agba, n'ihi na nkwado na izu ahịa ichi na–ewe otutu ego. Ma nwoke ọ bụla maara na o nweghị ihe kodoro ya n'igbu ichi na–akaba ahụ hụ na ya gburu ichi. Onye e meghị otu a, a na–ewe ya ka ofeke mpikogu, nwoke ume ngwụ, onye anaghị anaputapu ọkụkọ mkpụrụ akwụ. N'obodo ụfọdụ a na–akpọ ndị dị otu a ọtaji mma dioka. Okwu ya adịghị aba n'ihe n'ọgbakọ.

Sọọsọ ndị ezigbo mmadụ, ndị omume ha kwụ ọtọ na–

egbu ichi. Onye ohi, onye ama, onye mere arụ, onye a sụpụrụ asupụ n'obodo ma ọ bụ onye enweghị ngwuru anaghị egbu ichi. Mana nke a egbochighị igbu ichi ụmụaka nke nna na–egbube nwa ya ka o wee nwee ike ichi echichi mgbe ya nwụrụ. Maka ihi na n'obodo ụfọdụ mmadụ anaghị echi ọzọ nwaafọ – ya bụ nwoke ichi ọzọ mgbe nna ya ka nọ ndụ.

Onye gburu ichi ma o chighị ọzọ dị ka o bu egbe agbaghị agba. Ihere ichi na–eme ya. O gburu ichi ofeke ma ọ bụ ichi aguu.

N'Afa nke dị n'Udị onye alụghị nwanyị anaghị egbu ichi. E ji igbu ichi ama na mmadụ eruola okorọbịa, na ihe e ji mmadụ eme n'obodo. Onye ahụ ga–enwezi ike ime ihe ọ bụla a na–eme n'obodo. Onye ahụ ga–enwezi ike idinwu ihe ụfụ ọ bụla.

## Ndị na–egbu ichi

Ọ bụghị ala Igbo nile zuru oke egbu ichi. Ndị akụkụ Ọnịcha bụ ndị na–egbukarị ichi. Ndị ọzọ kwa bụ ndị Ọka, Nnewi, Udi, Igboukwu, Nri, Anambara, Nsụka na ebe ndị ọzọ ga. N'akụkụ Owere; Mbaise, Ifakala, akụkụ Ọlụ, Ata na–egbukwa ichi. Ndị Ngwa, Bende, Ọbịangwu na Ụmụahịa anaghị egbu ichi, ha na ọtụtụ ebe n'akụkụ Imo Steti. N'akụkụ Nnewi; Amichi, Ụkpọ, Ụtụ, Osumenyị, Ngwo na ebe ndị ọzọ, onye egbughị ichi anaghị echi ọzọ. N'ebe Ọlụ, Ọzụbụlụ na ebe ọzọ egbughị ichi egbochighị ichi ọzọ.

## Ndị ọrụ ha bụ igbu ichi

O nwere ndị ọ bụ ọrụ ha na nka ha igbu ndị mmadụ ichi. Ha bụ ndị Ụmụdiọka dị n'akụkụ Ọnịcha. Ndị Nri na Neni na–egbukwa ichi. Ndị a na–egbu ndị mmadụ ichi bụ ọka ichi ka a na–akpọ ha. Ndị Ukehe dị na Nsụka bụ diọka na–egbu onwe ha ichi. Ndị ọka ichi ndị a maara

maka ya nke ọma. Ndị mmadụ kwewara na aka ha anaghị afụ oke ụfụ. Onye chọrọ igbu ichi na–ezi ndị a ha abịa mgbe onye ahụ jikechara. Ọtụtụ mgbe ha na–agaghari n'obodo dị iche iche na–egbu ichi na–apị ndị mmadụ eze. Ndị Mgbakwu dị n'akụkụ Ọka na–egbu ichi n'ebe ọnwa asatọ ma ọ bụ ọnwa itolu n'afọ, n'agbata udu mmiri na ọkọchị. N'oge ahụ ndị diọka ana–atụ ka udele hụrụ ozu n'ala ahụ. Ha na–akpachapụ anya nke ukwuu maka na ọka ichi onye o gburu ichi nwụrụ bụ ajọ aha.

## Ụdị ichi a na–egbu

N'ọtụtụ ebe ụdị ichi abụọ ka a na–egbu, nke a na–egbuzu ihu na nke a na–egbu n'elụ ihụ. Na Mgbakwụ dị n'akụkụ Ọka nke a a na–egbu n'egedege ihu ka ha na–akpọ iti mma. Na Mbanesi dị n'akụkụ Nnewi e nwere ụdị igbu ichi atọ. Nke mbụ bụ igbuzu ihu. Nke abụọ bụ atụmchọm. Nke a na–ebu mkpirikpi akara asatọ n'ime ogologo akara uhie abụọ. Nke atọ bụ nwata ichi. Tupu e gbuo nke a a kpuchaa isi, gbunye ya n'isi, e mechaa ntutu erukpo ya. Ọ na–adị akara anọ. Ụmụaka na–egbukarị nke a.

N'obodo Nnewi kpọmkwem e nwere udị igbu ichi abụọ, nwatịnchọm na igbuzu ihu. Onye gburu ichi nwatịnchọm na–echi ọzọ Eze na ọzọ Asachara. Onye gbuzuru ihụ na–echi ọzọ Dara, Eze, na Dunụ. Sọ ndị a nwere ike igba njata n'ọkpa. Onye ahụ nweziri ike ichi ọzọ kacha ọzọ nile elu n'ala Nnewi, a na–akpọ Ataka. Onye chiri ya na–aza Ezeani (Nnewi). Ọzọ a na–ewe ọtụtụ ego na ihe dị ka iri ehi abụọ. (Ọ bụ sọọsọ mmadụ abụọ chiri ọzọ a na Nnewi nile zuru ezu).

N'obodo Igboukwu nwanyị na–egbu ichi. Ma ruo ugbu a e nwere ụmụnwanyị gburu ichi dị ndụ n'Igboukwu. Ndị a na–egbuzu ichi ihu ha nile. Nke ha abụghị maka echichi, kama na ọ bụ iji gosị agbagada agbara nwanyị nke ji azụ eme uri ofe.

## Ihe dị iche n'ichi na egbugbu ndị ọzọ

Ichi dị iche n'egbugbu ndị ọzọ a na–egbu n'ahụ ma ọ bụ n'ihu. Sọọsọ n'ihu ka a na–egbu ichi. Ma ọ bụ igbuzu ihu ma ọ bụ atụmchọm, ọ na–enwe usoro e si egbu ya na–eme ka ọ dị iche n'egbugbu ndị ọzọ. Ụmụnwanyị anaghị egbu ichi ma e wezuga n'Igboukwu. Sọọsọ ụmụnwoke na–egbu ichi. Ụmụnwanyị na–atụ mbibi (mbubu). A na–ebido n'elu obi wee tugide ya ruo n'ala ehe. Ụmụnwanyị na–adụkwa nkị. Aga ka e ji adụ ihe ndị a, chọọ ha mma. E ji ha achọ mma, ha anakwaghị agbacha agbacha.

Ụmụnwanyị na–edekwa uri, nkịsị ala na edeala. Ndị a na–agbacha ma ha dị abalị ole ma ole. Ihe ndị a dị iche n'ichi.

Ichi abụghị akara egbugbu, mana e jiri ya mara ndị Igbo. O nweghị agbụrụ ọzọ a maara na–egbu ichi na–abụghị ndị Igbo.

Ịlị ụfụ ichi bụ ịlị nta afọ. Igbu ichi bụ ije ọgụ be ọkpụkpụ eze na–agwụ n'ọnụ na ya. Nnụnụ isi akaghị aka anaghị eje ọgụ ọtụrụkpọkpọọ. Kama ọ na–abụ ọnya laa nwata e chefuo ụfụ ya.

## Nkwadebe maka igbu ichi

Igbu ichi bụ ihe a na–agba na ntị, a naghị agba ya n'anya. Ọ bụghịkwa ofe nkupu nwata na–ara mgbe o jiri sọ ya. Onye chọrọ igbu ichi na–ejikere nke ọma n'uzọ nile maka ete gbatara elekentiọba na–eri ọgụ mkpụrụ akụ.

N'ọtụtụ obodo dị ka n'akụkụ Mgbakwụ dị n'Ọka, onye ga–egbu ichi ga–ebu ụzọ hụ na ọ bara mmanwụ, gbaa nkwa buo amanwụlụ tutu o bido igbu ichi. Ebe ụfọdụ dị ka n'akụkụ Ukehe dị na Nsụka, onye ahụ ga–eme emume ịwa akwa tutu o gbuo ichi. N'ebe ọzọ gasị dị ka n'akụkụ Agụata, ọ dịghị emume ọzọ pụrụ iche onye chọrọ igbu ichi ga–eme tutu o gbuo ichi. Emume ndị a nile a na–eme tutu e gbuo ichi bụ ka onye ahụ wee gosị na

ya etoruola dimkpa, na ya nwere ike idite ihe ụfụ dị n'igbu ichi.

Ihe ọzọ onye ga–egbụ ichi ga–eme bụ na ọ ga–eji n'aka na ya nwere akụ na ụba nke ga–ezu maka emume a ka ọ ghara ịbụ e mere pụta n'ụzọ, mmiri atachibido ya, maka na ndị okenye tụrụ ilu sị na nwata etoghị eto jụba ihe mere nna ya, ihe mere nna ya emekwuo ya. Nke a mere na onye ahụ ga–ebu ụzọ hụ na ọ kpakọbara ụdị nri dị iche iche ọ ga–eri oge ọ na–eru ichi. Onye ahụ ga–ahụkwa na ya pekọrọ ukwu nkụ ukwa ọ ga–anya oge ọ na–eru ichi. Ihe kpatara ọ ga–eji bụrụ nkụ ụkwa bụ na nkụ ụkwa anaghị agba kịm kịm ma ọ na–enwu ọkụ, ọzọ ọ naghị enwu ọkụ ọsọ ọsọ ma ọ naghịkwa anyụ ọsọ ọsọ dị ka nkụ ụkpaka (ụgba) ma ọ bụ icheku na achara. Mgbe onye ahụ kwadochara n'ihe gbasara akụ na ihe nchọkọta ndị ọzọ dị ka ji, anụ, azụ na ụmụ ntinti na nri nri dị n'igbu ichi, ọ mara na ugo ahụ eberebego na mgbagbu.

Onye ahụ chọrọ igbu ichi ga–ebu ụzọ kpọọ ụmụnna ya, gwa ha na ya bụ nwata chọrọ ịkwọ aka ka ya na ndị okenye wee rikọọ nri, na ya bụ ugo egbuzuola, na ya ga–achake. N'oge a ụmụnna ya ga–agbakọ ñụọ mmanya ọ ga–ebutere ha, ma riekwa nri o siri wee leba anya, hụ ma o tozuru oke igbu ichi. Ọ bụrụ na ọ gwasịa ụmụnna ya, ụmụnna ya gwa ya ka ọ gaa n'iru na ha kwụ ya n'azụ. Ihe ọzọ ọ ga–eme bụ ịkpọ ụmụokorọbịa ndị gbugoro ichi, gwa ha na ya chọrọ ime ka ha mere, ya bụ na ya chọrọ ịbata n'otu ha, maka na ihe na–agụ nwanyị dị ime na–agụ onye tụbara ya. Ụbọchị ọ ga–akpọ ha, ọ ga–ebute udu mmanya ga–ezuru ha dị ka otu ha ha n'onu ogu ma siekwa nri ga–ezuru ha. Mgbe ha tụlechara okwu a ọ gwara ha, ha ga–asị ya jisie ike ma ọ bụ ya anwala anwa. Ọ bụrụ na ha asị ya jisie ike, ukpatụ pụrụ iche ga–ebido mebe, maka ha ga–ebido ụbọchị ahụ makụbe onye ahụ na mkpụkpọ ma ọ bụ mbem ruo ụbọchị ọ ga–egbu ichi ahụ. Ma ọ bụrụ na ha ekwenyereghị ya ha ga–asị ya ụbe bekwe na nke e bere ebe, na nnụnụ bere ihe ahụ ebekwala

ọzọ. Mgbe ahụ onye ahụ ga–ama na nwankịta ataala onye nwe ya ka o nweghị eze. Okwu ahụ ga–esi n'isi laa n'isi. Ha laa be ha mgbe ha nyechara onye ahụ ike na ụzọ ọ ga–eso, ha ga–asị ya na ha atụpụgoro nkịta nrị, ha agaghị echere ya ogu ya na umụ ndị mmụọ. Ya bụ ya chịrị n'aka, na ọ dịnụ dịzị ya n'aka.

Ndị okenye tụrụ ilu sị na anụnụ isi akaghị aka anaghị eje ụlọ ọnwụ ntụrụkpọ osisi. Nri na–eje mba ga–atụ mmanụ. Nke a pụtara na ndị ikwu na ibe onye ahụ ga–egbu ichi ga–ekesa onwe ha n'obodo nile ebe ha mara na dibịa ndị kara anya nọ, gbaa afa iji chọpụta ma ichi onye ahụ chọrọ igbu ma ọ dịkwa nna nna ya ha mma n'obi, ma ọ ga–alapụkwa ụfụ ichi, ma o nwere ihe ga–eme ya ebe a na–egbu ya ichi ma ọ bụ e gbuchaa ya ichi ma ọ bụ ma ọ ga–anwụ mgbe ọ nọ erụ ichi. Ha agaghị ewe ihe otu dibịa gwara ha ka m gara mara ghara ịpụta n'ikpe azụ. Mgbe ha lọtara, ha were chịkọta ma nyochakwa ihe dibịa afa ndị a gwara ha, were mara ma ha ga–ejebe ejebe, ma ha ga–alaba alaba. Ọ bụrụ na ha chọpụtasịa ihe ndị ga–egbochi ya igbu ichi ahụ, ha ga–agwa ndị dibịa ahụ ka ha bịa ree ihe a ga–eji wee me oji ma oji awala afa, ka e wee hụ na o gburu ichi ahụ. Mgbe nwadibịa gwasịrị ha ihe ha ga–eji chụọ aja ahụ ma ọ bụrụ onye aja wara, onye ahụ ga–eji chụọ ya, ma ọ bụrụ onye aja ọ bụla awaghị, ọ mara na ije ahụ aburula ije awele. Mgbe ọ hụrụ na ya achụchaala aja afa wara ya, ya ebido chebe echiche maka ịgba aja ichi.

Ịgba aja ichi bụ ihe onye ọ bụla chọrọ igbu ichi aghaghị ime maka ọ bụ site na nke a ka onye ahụ sị anata ndị ichie na ụmụ ndị mmụọ dị be ha ike igbu ichi. N'ịgba aja ichi, onye ahụ ga–akpọta dibịa mgbe ọ zụtachara oke ọkụkọ chara acha abụọ na nnekwu ọkụkọ abụọ, ji buru ibu asaa, were tinyere urughuru na urughuru ihe ndị ọzọ nwadibịa ga–agwa ya ka ọ zụta. Ọ ga–eji otu nnekwu ọkụkọ gba aja Ebo, otu oke ọkụkọ chara acha ka ọ ga–eji gba aja Ajagụ ma werekwa otu oke na nnekwu ọkụkọ ndị

ọzọ fọdụrụnụ saa ihu ya. Ịsa ihu dị ka ị gbakwa chi nke ndị ụmụnne nwanyị na–eme. Mbụ, onye chọrọ igbu ichi ga–agba Ebo. Dibịa ọ kpọrọ ga–achụrụ ya aja a, ga–aụch kwara ya aja Ajagụ. Dibịa ahụ ga–awapere obere ji na ji asaa ahụ were chụọ aja a, ma burukwa ndị ọzọ fọdụrụ, laa rie ha. Mgbe ọ gbachara aja a, onye chọrọ igbu ichi ga–eburu aja ahụ gaa ka ọ tụnye ya n'ime ajọ ọhịa. Ma mgbe ọ na–aga n'ụzọ, ọ gaghị ekele nwoke nke ọ na–ekele nwanyị. Ọ gaghịkwanụ ekwere ekele ọ bụla, ma ọ bụ ghee onye ọ bụla ọnụ. Ọ gaghị ele anya n'azụ ruo mgbe ọ tụfusịrị aja ahụ n'ebe a gwara ya tụfuo ya. Mgbe onye ahụ mesịrị nke a, ọ mara na ije ebirila ọkụ.

Ihe ọzọ chere ya n'ihu bụ ịsa ihu ya. Nke a bụ oriri, maka oge a ka ọ ji agwa ndị enyi, ikwu na ibe na ndị ọgọ ya na ya ga–egbu ichi. Oge a, ọ ga–esi oriri, luo mmanya nga ọ dị nnukwu. Ụbọchị ahụ, ụmụokorọbịa na–azọwa vala ibe. Onye ahụ ga–egbu ichi ga–ewepụta ihe a tụrụ atụ dị ka okpesị nke o jiri mere ihu ya, gbuo oke na nnekwu ọkụkọ ahụ, mesa ọbara ha na ya, forokwa abụba ma ọ bụ urume ọkụkọ ndị ahụ nyaa ya. Nke a gosịrị na ya na ihu ya dị na mma, tutu e gbuo ya ichi ahụ. Ndị Igbo nwere nkwenye na ọ bụrụ na onye ahụ emeghị otu a, na o nwere ike nwụọ ebe a na–egbu ya ichi ahụ. Mgbe o gbuchara ọkụkọ ndị a, ha ga–ebidozi supịakọba oriri n'ọnụ, na–adaghari, na–eme ụkpata. Onye ahụ ga–egbu ichi ga–egbukwa otu ewu nke a ga–akpụchasị isi ya nke ọma, debe ya maka ụbọchị izụ ahịa ichi, ma ọ bụ ịnụ ichi. Mgbe ha richara oriri a, ha mara na ugo eberego na mgbagbu, na ihe a na–achọ n'uko elu, a hụla ya n'uko ala, ọ dighị ihe jizi nwankịta ọnwụ.

Ebe ọ bụ na igbu ichi na–eme ka mmadụ gbafuo nnukwu ọbara, onye a ga–egbu ichi ga na–eri nri ga–adị ya ahụ mma; ọ ga na–ezu ike nke ọma. Ndị na–egbu ichi a na–abịa mgbe ha hụrụ na ndị a ga–egbu ichi buru ibu n'ọnụ ọgụgụ nke kpatara na ọ na–abụ ha jee be otu onye gbuo ya ichi, ha si ebe ahụ jee be onye ọzọ. Ugbu a, a ga–

eje zie nwadiọka ozi sị ya (a hụrụ onye ka a hụrụ ya,) na igbudu adaala.

Mgbe ọka ichi bịara, onye a ga–egbu ichi ga–enye ya nnụ ego, ego ayọrọ, mba ji asaa na otu oke ọkụkọ. Ọ ga–enye onye mgbodo ichi, ya bụ ndị ga–ejide ya mgbe a ga–egbu ya ichi ọgụ ise ego ayọrọ. N'ọtụtụ obodo dị ka n'Afa dị n'ụzọ Udi ihe nile a ga–enye nwadiọka ga–abụ ụzọ iri asatọ na otu, ụzọ iri asatọ na otu, ma ji, ọjị, ego na ihe ndị ọzọ dị iche iche. Mgbe nwadiọka bịara, o ruo ụbọchị onye ahụ ga–egbu ichi, ndị ikwu na ibe, enyi na ndị ọzọ ga–agbakọ be onye a ga–egbu ichi, oriri arịba ibe ya elu. Ndị mmadụ ga–ejikwa mmanya akwọ aka. Ntị a naghị anụ ihe ebe ahụ nile. Onye rijuo ma ñụjuokwa afọ, ọ dị ya ka ọ nọ n'ala eze. Ndị dike ndị gbugoro ichi ga na–amaku onye a ga–egbu ichi na mbem ma ọ bụ mkpụkpọ. N'ezie, aghara ga na–agba ka e were mara na anya ga–ahụ ihe gwụkpọrọ ya. Ọ bụ ezie na njinji ga–eji ma o gbochighị ndị mmadụ ịsụ ọnụ patapata. Nwadiọka ga–eri nri pụrụ iche, (a kwọrọ aka wee sie) ma bụrụkwa aka aga n'ọkụ. Ọ ga–añụkwa obere mmanya nanị maka iji lofee nri o riri.

Ugbu a, ọba ga–ebido ịmọ anya. Nwadiọka ga–agwa ha ka akwado maka ọrụ ya. A ga–eje chịta akwụkwọ unere ma ọ bụ jioko ma ọ bụ ogede a ñara n'ọkụ, gwuo olulu ebe ọbara na mmiri ga na–asọba, werekwa ihe osisi okwe a pịchara apịcha dị obodobo gbofee ya uhie n'olulu ahụ, were akwụkwọ unere tụọ n'ala. N'elu obodobo osisi okwe ahụ ka onye ahụ ga–ehido isi ya. A ga–esikwa mmiri ọkụ bupụta. A ga–ebu ụzọ kpụchaa onye a ga–egbu ichi isi ọ na–akwọ mụrụ mụrụ ka ọnwa. A ga–ewetakwa ihe ogwe unere rere ere e ji ete ulọ nke nwadiọka ga–eji n'aka wee na–emetụ onye ọ na–egbu ichi aka. Mgbe nwadiọka maara na oge eruola, ya akpọọ anwụrụ, zie imi anwụrụ, buru akpa nka ya jee ebe e gwuru olulu ahụ ma doziekwa ihe, gwa onye a ga–egbu ichi ka ọ bịa na ọ bụ chi bọọ ọkụkọ enwee di.

Onye a ga–egbu ichi ga–abịa dina ala n'elu akwụkwọ unere ahụ ma tụkwasị isi n'elu obodobo osisi okwe ahụ a pịchara apịcha a tọgbọrọ n'uhie n'olulu. Ndị dimkpa anya na–acha ọbara ọbara ga–abịa jide ya n'aka abụọ n'ụkwụ abụọ ka ọ ghara imeghari ahụ ma ọ bụ jide nwadiọka na mma ya, n'ihi na o mee otu a, o merụọla nwadiọka. Ugbu a, ọka ichi ewepụta ọgwụ o ji egbu mmadụ ichi a na–akpọ akwarị gaa rụdọ ya n'akụkụ olulu ahụ. Nwadibịa onye a na–egbu ichi kpọrọ ebido mebe ọgwụ ya ka ndị nnadị nọ ebe ahụ ghara ime ka onye a na–egbu ichi nwụọ n'olulu ichi ahụ. E nwere ihe a na–akpọ urụ enyi nke dibịa jiri mkpọrọgwụ osisi ụfọdụ na ebelebe, ma unyi ma nzu ma nta na imoroko wee gwọ nke ga–egbochi ndị mmadụ tụmadị ndị iro ime ka ichi ahụ ma ọ bụ ulụ enyi luọ onye a na–egbu ichi. Egwu ebirila ọkụ, onye ji ike bịa lere, e ebe ọba na–emo anya, ụzụ akpụbala igwe, fada abaala oluta ya, njinji ejiela. Nwadiọka wepụta mma nka ya na–atụ ka agụba, ozigbo ọ na–atasa onye ahụ mmiri ọkụ, tụkwasị mma ya n'ihu onye ahụ, ụzụ kworo n'elu ekwoo n'ala. Ndị ọja na ndị mkpụkpọ ewere mkpọtụ ha jide osisi nile ka ha ghara imeghari ahụ ha. Ndị mmadụ azọpụọ okika ma na–anarịta onwe ha aka.

Ebe nwadiọka na–ebido igbu ichi bụ n'egedege ihu. Ebe ọ ga–egbu ikpe azụ bụ n'ọkụ anya. Nwadiọka na–akawa ihu onye ahụ, a na–akwọsa ya mmiri ọkụ, ọbara na mmiri ahụ a na–agbaba n'olulu ahụ. Onye a na–egbu ichi agaghị emetụ ahụ ukpatụ nke ọ ga–asụ ude ma ọ bụ bee akwa ma ọ bụ tie mkpu. Nke a mee onye ahụ akparịala ụmụnna ya na ndị ogbe ya nile. Ọ ga–ebido mee omeria dị ya nụ dị ka nwadiọka ga–esi kpọsịta. O mechaa nke a, ọ kwụọ nha ndị ụmụnna ya ga–ada ya were tinyekwuo okwu ọ gaghị enwe ike ekwu ebe ndị ọgbọ ya nọ ozọ. Ma ọ bụrụ na onye ahụ enwee ndidi, nwadiọka na–egbu, a na–ete ya ọgwụ ma na–ehujikwa ya site n'ite unyi nke e siri na nkụ osisi ebelebe wee weta. Mgbe o gbuchara ya

ichi n'ihu nile ọ fọdụzie n'anya ya abụọ, nwadiọka, mgbe o ruru igbu onye ahụ ichi ikpe azụ ga–eji olu ike tie mkpu sị, 'Ichi eruolanụ n'ọkụ anya', nke a gosiri na e ruola ebe ichi sikarịchara ike. Ugbu a ọ ga–ebido gụba egwu nke a, ndị gbakọrọ ebe ahụ a na–ekwere ya sị:

Nwaụmụdiọka gburu ichi daa aja
*O ngororo o*
Nwaụmụdiọka gburu ichi daa aja
*O ngororo o*
Mma m na–atụ nko, mma m na–atụ nkọ dị n'akpa
*O ngororo o*
Ana m egbu ichi nna m na–egbu ichi ọ dị be anyị
*O ngororo o*

Ma ọ bụ nke a sị:

Okeke Okafọ ichi na–agwụ agwụ o o o
*O wọnlele o*
Nwadiọka ọkwa nka ichi na–agwụ agwụ o o o
*O wonlele o*
Agụ nwoke dị egwu o ichi na–agwụ agwụ o o o
*O wonlele o.*

Ọ bụ maka nke a ka o ji abụ ndị mmadụ na–eme ihe mgbe o ruru ebe o sikarịchara ike ha sị na ichi eruola n'ọkụ anya maka oge a onye na–egbu ichi ga–akpachapụ anya maka o meghị otu a, o gbukpọọ onye ahụ anya. Anyị ga–echeta na oge nile a a na–egbu onye ahụ ichi, ọ ga–ekpuchi anya ya nke ọma. Ọ gaghị ekpughe ya ruo mgbe ọnya ichi ahụ lara ya ma ọ bụ bidoro laba ya. Mgbe igbu ichi a ruru ebe a, añụrị na–eju ndị ikwu na ibe onye ahụ obi, ha nile ewere tụpụba ukwụ ọria. Añụrị na–eko ha afọ maka ha na–asị na ọgụ abụọ anaghị aka ọgụ mbụ, ụsụ. Ha ga na–eti mkpụkpọ na–amakụ onye ahụ na mbem, na–etu ya oke aha maka ha amarala na ọ bụ dike maka na o menyeghị ha ihere. Mgbe ọka ichi gbuchara n'anya, ọ na–emere ụrụ enyi ichi nye onye ahụ ka ọ rachaa. E

mesịa, e buru onye ahụ, na–akpọkwa ya aha ichi ya nke bụ aha dike ya wee buba ya n'ime ụlọ dote ya n'elu ugbo uzọ ha ga–edota n'akụkụ ọkụ, n'ebe nkụ ụkwa dị n'ọkụ na–akwa jim jim. Diọka na–ewere akwụkwọ nchanwụ tuo ya n'ihu ka ahụhụ ghara ịbịa ribe ihu ya ma werekwa akwụkwọ orodu were tụchie ya n'ihu. Onye ọ bụla nke dichara ichi ahụ nke ọma, ụmụnne ya na–añụrị oke ọñụ, tewe egwu n'ihi na onye ahụ emechughị ha ihu. Ugbu a, dimkpa na ihe emebego, agwọ ma ọ bụ eke na ihe o loro ehurugo. Ibe m, bịanụ ka ụnụ hụrụ ihe aka gburu ka mma na–abọ.

## Iru ichi

Onye e gburụ ichi ọhụrụ na–eru ichi. Ọ na–anọ n'ebe a na–akpọ mkpu wee ruo mgbe ichi ya lachichaara nke ọma. Ọ na–anọ ebe ahụ ihe dị ka iri abalị abụọ na asatọ, ya bụ izu asaa. Ọrụ ilekwa onye gburu ichi bụ ọrụ daara ụmụ nwanyị.

N'akụkụ Nnewi, Ọka, Aguata, obodo dị ka Nanka, Ọraeri, Ụtụ, Ekwulọbịa, Neni, Mgbakwụ, Ụmụawụlụ, ọ bụ ụmụada na–elekwa onye na–eru ichi. Ọ bụrụ na e gbuchaa ichi kpọbaa onye gburu ichi na mkpu, ụmụada ụmụnna ahụ e gburu ichi na be ha ga–agbakọta na be onye gburu ichi. Ha ga na–esiri ya nri ọ na–eri, na–elekwa ya, na–afụrụ ya ọkụ na–asakwa ya ichi. Ha ga na–akwọ uhie, na–akwọ edo nwoke ahụ gburu ichi ga na–ehu n'ahụ ya. Ha ga na–esu unyi na alụlụụ na akwụ ojukwu e ji asacha ichi. Ha ga–eweta orodu e ji atụchi ihu ichi. Ha ga na–edozi ụlọ be onye ahụ gburu ichi, na–ete ya ete na–emekwa ka ebe ahụ na–ekpo ọkụ.

Onye e gburu ichi na–eru ichi na–edina otu ebe, ehihie na abalị. Ọ naghị emegharịsị ahụ ya ike n'ihi na o mee otu a ichi ya egbuwe ya mgbu. A ga na–akwara ya ọkụ ụtụtụ, ehihie, na abalị. Onye ahụ na–anọ na nnukwu ahụ mgbu. Ahụ okụ ga na–enwu ya. Nri anaghị agụ ya. N'oge a, a

na–ehie aka n'anya wee siere ya nri bụ e sichaa ọ gụba onye ọria. Ọ bụ sọ anụ na azụ na–eju na nri a na–esiri ya iji hụ na o riri ya bụ nri. O nwere otu nwoke ọ bụ ọlụ ya ịdị na–edozi ya. Ọ bụ ya na–ekulite ya mgbe ọ chọrọ iri nri na mgbe ọ chọrọ ịnyụ anyụmanyụ.

A na–asacha ichi kwa ụtụtụ kwa ụtụtụ. Ụbọchị a na–ebido asacha ichi bụ ụbọchị nke atọ e jiri wee gbuchaa ichi. Tupu a sachaa ichi, ndị okenye chigoro ọzọ ga–abịa were mmanya tụsara akwarị. A na–edobe akwarị a n'ụsọ ụlọ be onye gburu ichi wee ruo na ichi alachaa. Mmanya a na–atụsara akwarị a bụ mmanya a na–akpọ mmanya ike eru ala. Ọ bụrụ na ndị okenye tụsachaa mmanya na akwarị, ha waa ọjị taa, gbụa ya n'ọfọ ha wee kpee ekpere kpọkuo ndị ichie ukwu na ndị ichie nta, kpọkuo udo na ogwugwu na mmụọ ndị ọzọ dị n'ala ha, ka ha bịa nyere ha aka chekwaba onye ahụ gburu ichi.

Ndị ụmụada ga–agụ egwu wee kpọkuo ndị ichie ukwu na ndị ichie nta nke onye ahụ gburu ichi. Ha ga–akpọgide ndị a wee ruo na ndụdụgandụ nke asaa. Otu n'ime egwu ha na–agụ dị nke a;

Ọ bụ onye na onye bi n'ebe a o . . . *Egwu ndị eze*
Ọ bụ onye na onye bi n'ọnwa o . . . *Egwu ndị eze*
Ọkpara Ezekori o bi n'ebe a ọ . . . *Egwu ndị eze*
Nwankwọ Ezekafọ o bi n'ebe a o . . . *Egwu ndị eze*
Ọ bụ onye na onye bị n'ebe a o . . . *Egwu ndị eze*

Etu a ka ha ga–esi gụgide ya ruo na ndụdụgandụ nke onye ahụ gburu ichi were kpọọ aha ya. Oge ha gụchaara egwu a, ha amalite ịsacha ichi. Ịsacha ichi na–ewe ogologo oge n'ihi na ọ bụghị ihe a na–achụ ọsọ eme. Onye ga–asacha ya na–ehi aka n'anya n'ihi na e jighị ihe e ji agba na ntị were agba n'anya.

Ọ bụ mmiri ọkụ na alụlụụ ka e ji asacha ichi. A sachasịa ya, e were mmanụ akwụ ojukwu tee n'ihu ichi, wee yọkwasa ya unyi osisi ebelebe. A ga–ewere akwụkwọ orodu a ñara n'ọkụ wee tụchie ihu ichi ahụ Ọ bụ etu a ka a

ga na–esi asa ya bụ ihu ichi kwa ụtụtụ wee ruo mgbe ọ lachaara. Nwadiọka gburu nwoke ahụ ichi ga na–abịa na–eleta ya we ruo mgbe onye ahụ zụọrọ ahịa ichi.

Oge iru ichi bụ oge ndị nwe onye gburu ichi na–achịrị ume n'aka. Obi anaghị eru ha ala wee ruo mgbe onye ahụ zụọrọ ahịa ichi. N'ihi nke a, nne, ma ọ bụ nna ma ọ bụ nwaada onye gburu ichi ga na–eje na–agba afa na–achụrụ ụmụ mmụọ aja ka ha soro chedoro ha onye na–eru ichi ka ọ ghara inwe nsogbu. Ndị ụmụada na–akpachapụrụ onye gburu ichi na–eru ichi anya nke ukwu. Anyị maara na ọ naghị abụ e chiwe nkwụ e leghara ya anya. Ha na–amụ anya abalị na–eche ya nche maka imeghari ahụ mekụta onya ichi ya, ya na ịdị na–emenwuru ya ọkụ wee ruo na ichi ahụ adịwa mma. Ọ bụrụ na onya ichi ebido lawa nwoke ahụ ga–ebido mụwa imeghe anya ya. Ọ bụrụ na o meghị etu a, ọ ga–ahịa ya nnukwu ahụ n'oge ọdịnihu bụ imeghe anya ya. Ọ ga–eji nwayọọ na–emeghe ya. A naghị emeghe ya n'ike n'ihi na a naghị eti anya ichi baa.

Ndị enyi, ndị ọgọ na ndị ọ dị mma ga na–abịa ileta onye na–eru ichi. Ndị mmadụ ga na–aga na be ya dị ka ụsụ si–aga n'ọji. A ga na–agụ egwu na be ya na–eme ihe ọñụ iji wee mee ka obi na–adị ya mma oge nile.

Ụbọchị onye e gburu ichi ga–apụta na mkpu, a ga–egbu ebule. A ga–ewere ebule ahụ sie nri. Ọtụtụ mmadụ ga–abịa ụbọchị ahụ. Ọ bụ ụbọchị ahụ ka nwadiọka ga–abịa were ikpukpọ ya fodurunu. Ọ bụrụ na e richaa nri, nyechaa ekele, nwadiọka ga–ahịọ onye ahụ aka n'ihu ugboro asaa fepụga aka ya na mbara. Nke a bụ iji wee kwadobe ya maka ịzụ ahịa ichi. Ọ ga–ewere nnukwu mma oge tie nwoke ahụ n'akụkụ anọ n'ahụ ya. Nke a bụ iji gbusie ya ahụ. Ugbu a ọ dịla nkwadebe maka ịzụ ahịa ichi.

N'Afa, obodo dị n'Udi, onye na–eru ichi na–ama mpempe akwa. Ọ naghị eri akpụ n'ihi na ọ bụ oriri bịara abịa ka ọ bụ. Ọ bụ sọọsọ ji na nri ji ka ọ na–eri. Ọ bụ site

n'afa ka a ga–eji mata onye ga na–asacha onye ahụ ichi. A na–akwụkwa onye na–asa ichi ụgwọ. Oge onye a na–eru ichi pụtara ịkpaghari n'obodo, tupu ọ zụọ ahịa ọ na–anya ikpo were akpaghari. Nwunye ya ga–eburu akpa ọjị na–eso ya ka ọ ga–abụ ha hụ onye chiri ọzọ ha enye ya ọjị. Etu a ka ọ ga na–eme wee ruo ụbọchị ọ zụọrọ ahịa ichi.

N'Eziagụ Divishọn, ha na–ala ụla ichi n'ịkpa. Ụbọchị onye ahụ ga–ala ụla ichi mmadụ agaghị ahụ ya anya. A ga–egbu ekwe wee kaara ndị mmadụ na onye ahụ ga–ala ụla ichi. Nke a ga–eme ka onye ọ bụla nọdụ be ya ghara ịpụta iro. Nwoke ga–ala ụla ichi ga–apụ na be ya n'ezigbo ụzọ ụtụtụ wee jee n'ịkpa nọdu wee ruo mgbe ọ ga–eji wee pụọ ahịa.

N'Ukehe, ya na Akụ nke dị na Nsụka, a naghị ahụ onye gburu ichi na–eru ichi anya oge ọ na–eri nri. A na–ewere ọmụ gechie n'ụzọ mkpu ebe onye ahụ nọ. Ọ bụrụ na oge ruo ọ ga–eri nri a ga–ewere ekwe kụọ ka onye ọ bụla kwụsị ịbia ileta ya. Ha kwenyere na a hụ onye ahụ oge ọ na–eri nri, onye ahụ na–eru ichi ga–anwụ. Nwoke ahụ agaghị asa ahụ izu asaa. Ọ naghị anyụ mmamiri n'ehihie. Ụbọchị ọ ga–apụta n'iru ichi ndị chiri ọzọ ga–abịa meghee ụzọ mkpu site n'ibepụ ọmụ ahụ e jiri gechiri ọnụ ụzọ ahụ ọ nọ na ya. Ndị ọgbọ ya, ndị enyi na ndị ọgọ ga–abịa na–eleta ya. Ụbọchị ndị ọgọ na–abịa na–abụ nnukwu ụbọchị. A na–esi nri a maara aha ya. Nke kachanụ bụ nri a na–akwadebe a na–akpọ nri ndị ọgọ. Onye nọ n'otu akụkụ a naghị ahụ onye nọ n'akụkụ ọzọ. N'akụkụ ebe ahụ ọ na–abụ onye e nyere ihe kariri ya ọ si, na nke a dị ka nri ndị ọgọ.

## Ọnwụ onye na–eru ichi

N'ọtụtụ obodo, onye nwụrụ n'oge ọ na–eru ichi nwụrụ ọnwụ ọjọọ. Ndị chiri ọzọ anaghị ahụ ozu ya anya. A na–asị na ọ bụ ihe onye ahụ metara ka o jiri wee nwụọ n'oge ọ na–eru ichi. A na–eme emume mwụcha n'ụlọ onye na–

eru ichi nwụrụ tupu e lie ya. Oge ụfọdụ a na–eburu ozu onye ahụ tụfuo n'ajọ ọhịa n'ihi na ọ bụ ihe rụrụ arụ. Ọ bụ ndị Nri ka a na–akpọta ka ha bịa sụnyụọ ala ebe ihe dị otu a mere.

N'Igboukwu onye nwụrụ n'oge ọ na–eru ichi anwụghị ọnwụ ọjọọ. Ha anaghị ewe onye ahụ ka onye mere arụ. Ha na–agba mbọ ịhụ na e mechaara onye ahụ ihe nile dị n'igbu ichi na ichi ọzọ. Ọ bụ oge a zụchaara onye ahụ ahịa ọzọ ka ha ga–eli onye ahụ. Ha kwenyere na ọ bụrụ na e meghị ihe ndị a were lie onye ahụ, e mesịa ọ wa n'afa. Ọ bụ ya kpatara ha ji ekwu na a naghị eli nwa ichi na e mechaghị ya aka.

## Ịzụ ahịa ichi ma ọ bụ iñụ ichi

Ọ bụ n'oge izu asaa gasịrị ka onye gburu ichi ji azụ ahịa ichi. Ọ bụ oge a ka ọ na–enwe añụrị maka ichi o gburu. Ọ na–akwadocha onwe ya nke ọma chọọ onwe ya mma. Ọ na–ede nkịrịsịala na uri were akwa olugwo mara n'ukwu ya. N'akụkụ Nsụka, Udi na Eziagụ, ọ bụ mpe mpe akwa e tejiri uhie ka ha na–ama were azụ ahịa ichi. N'ụbọchị a ga–azụ ahịa ichi ndị nwoke ga–edu ya ahịa ichi na–ebu egbe. Ndị ụmụnwanyị eweputa ala akpati ha yiri ụbọchị ahụ. Ha na–ejikwa onwe ha nke ọma dị sam dị ka onye gburu ichi ha na–edu ahịa. Onye isi ada ga–ewere isi ebule ahụ e gburu ụbọchị onye na–eru ichi pụtara na mkpu wonye ya n'osisi bulie ya elu. Onye a na–edu ahịa ichi ga–eji mkpọ ichi jidekwa mma mbejiri. Ha ga–eduru nwoke ahụ gaa n'ahịa na–agụ egwu na–ama mbem ma ọ bụ elele na–atụ n'anya. Ndị ụmụ nwoke a na–agba egbe. Ndị mmadụ ga na–etu nwoke ahụ aha ichi ya, na–ekele ya na–enyekwa ya ego. Ụfọdụ ga na–abịa na–ekiri ichi ya na–eto ya na–asị, 'Hei, ichi ya amaka. Ọ dị ka e dere uri. Nwadiọka nke a na–eme ncha n'aka. Ọ zere ya eze n'ịhu dị ka e dere nkịrịsịala'. Ha ga–eduru nwoke ahụ gaa ahịa gburugburu tupu ha e wee jee n'ebe ha nwere ulọ ahịa



Nwoke gburu ichi.

nọdụzịa were na–anara ekele. Ọtụtụ ndị enyi ga–abịa gwa ya na ọ bụrụ na ha lawa ahịa ha rutekwa na be ya. Ọ bụrụ onye nwere ndị enyi nnukwu, ọ na–ewe ya ogologo oge iji wee gazu be ndị enyi ya.

Ọ bụ ahịa ahụ na–emechi emume igbu ichi. Onye mechara emume ichi na–enwe nnukwu añụrị n'ihi na onye ahụ azọnyela ụkwụ n'otu ndị a maara amara n'obodo. A sị na ọ na–abụ nwata kwọọ aka o soro okenye rie nri n'otu ite.

## Olee uru igbu ichi bara?

Ọ bụ eziokwu na oke ahụhụ dị n'igbu ichi ma o nwekwara uru ọ na–abara onye gburu ya. Onye agbasighị ike enweghị ike idi ụfụ ichi. Onye ọ bụla nwere ike die ụfụ mma ichi ka a na–ewe na ọ bụ dike nke siri ike mmadụ. Mgbe ọ bụla ihe dị ike daara, ọ bụ ụdị ya ka a na–ebeku n'ihi na a chọwa ijide oke ehi, a chọwa oke mmadụ. Site n'ụzọ dị otu a, onye gburu ichi na–abụ onye a ma ama n'obodo. Ọtụtụ mmadụ na–achọ ka o nwee ihe jikọrọ ha na ụdị mmadụ a.

Ezi na ụlọ onye gburu ichi anaghị enwe oke mmekpa ahụ site n'aka ndị mmadụ. N'ihi na onye cheta na nwoke nwe ezi na ụlọ ahụ bụ dike, egwu agaghị ekwe ya mekpaa ndị si n'ezi na ụlọ ya ahụ.

Ọ bụ ndị ụmụokorọbịa gburu ichi ka a na–emekarị ndị isi n'otu ọgbọ ha. Nke a na–ewetara ha oke nsọpụrụ na ugwu. Ọ bụrụ ebe a na–enwe aha ichi, dị ka na Mgbakwu dị n'akụkụ Ọka, onye gburu ichi ma o chibeghị ọzọ ga–enwe aha ndị mmadụ ga na–etu ya.

Na Nnewi onye gburu ichi nwere ike na–atụ ụzọ nzu ise n'ala, ebe onye egbughị ichi ga na–atụ nanị ụzọ anọ. Ọ bụ igbu ichi na–eme ka mmadụ nwee ike ichi ọzọ n'ọtụtụ obodo na mgbe gboo. Ichi ọzọ bụ oke echichi nke ọtụtụ mba n'ala Igbo nwere. Onye ọ bụla chiri ọzọ na–enwe ugwu pụrụ iche n'anya ndị mmadụ. Ebe o si

otu a dị, o na–abụrụ onye gburu ichi ihe inwe nchekwube na otu ụbọchị ya esoro n'otu ndị chiri ọzọ. Onye egbughị ichi agaghị arọ nrọ ichi ọzọ na mgbe ochie.

Onye ọ bụla ruru ogo igbu ichi ma ya egbughị, na–enweta mkparị dị iche iche n'aka ndị otu ya gbugoro ichi. Ọ naghị enwe ọnụ okwu ebe ha nọ. A sị na ngwere emeghị ihe o ji bụrụ ngwere, a kpọwa ya ngwere ịkpọ. Ụdị mmadụ dị otu a, ahụ na–ajụ ya oyi mgbe dum. Ọ na–anọ ka onye a jụrụ ajụ.

Igbu ichi na–enyere mmadụ aka ịlụta nwanyị na mgbe gboo. Ụmụ nwanyị mgbe ahụ bụ ndị na–achọ ịlụ di gbara garagara bụrụkwa ndị a na–anụ aha ha n'obodo. O nweghị nwanyị ga–achọ ka e were n'ihi na di ya emeghị ihe ndị otu ya kwesịrị ime wee kọọ ya ọnụ. Na ndụ ndị Igbo, ihe kachasị mkpa bụ inwe ezi na ụlọ. Onye alụghị nwanyị ma mụtakwa nwa nwụọ, a nakwaghị anụ maka ya ọzọ. Onye ọ bụla chọrọ ihe a ga–eji cheta ya ma ya nwụọ. A na–ewe onye ọ bụla ruru ogo ịlụ nwanyị ma ya alụbeghị ka ọfọogori nke achọghị ọganihu onwe ya. Nne na nna onye dị otu a anaghị enwe obi añụrị maka ụdị ọnọdụ a nwa ha nọ.

Na mgbe ochie a na–agba ohu, ọ na–esi ike tupu e ree onye gburu ichi. Nke kpatara na onye gburu ichi na–eje ebe masịrị ya na–enweghị egwu ọ bụla.

Igbu ichi bụ otu ụzọ mmadụ si echekwa ego ya n'ihi na mgbe onye ọzọ na–egbu ichi, onye ahụ gbugoro ichi ga–eso ketekwa ihe ebe ahụ.

## O nwere nsogbu na–eso igbu ichi?

Igbu ichi bara uru ma o nwekwara ọtụtụ mmekpa ahụ ọ na–ewetara ụmụ mmadụ. Ụfụ mma ichi na–egbu mgbu nke ukwuu n'ihi na o nweghị ihe a na–eme ka onye a na–egbu ichi ghara ịma na a na–egbu ya ichi ahụ. Onye e gburu ichi na–aba n'ahụhụ emegheghị anya ya wee ruo ọtụtụ abalị.

Ichi na–eme ka mmadụ mefuo ọtụtụ ọbara. Ụfọdụ mmadụ anaghị enwe ọbara na–ezuru ha ma ya fodụkwa ịga mefuo nwantakịrị ọbara nke o nwere site n'igbu ichi. Ọtụtụ oge udị ndị a aghaghị ịnwụ ma e gbuchaa ha ichi.

Ichi na–emebi mma ihu mmadụ mara. Ọtụtụ oge ihu onye ahụ na–adịwa ka ihe a tụrụ atụ. Ihu ha na–abụ ihe iyi egwu n'ebe ụmụaka nọ. Nke a mere na ọtụtụ ụmụaka anaghị ekwe ka ndị gburu ichi kuru ha n'ahụ.

Ugbu a ụmụ nwanyị anakwaghị achọ ịlụ ndị gburu ichi. Ha na–asị na ichi bụ ihe ndị agba ochie. Nke a kpatara na ọtụtụ ndị gburu ichi n'ihu ha nile, anaghị enwetacha ụdị nwanyị ha chọrọ ka nwunye.

Ụmụ okorọbịa ugbu a gburu ichi mgbe ha na–etolite etolite anaghị enwecha obi añụri maka otu ihu ha si dị. Onwe ha na–emewe ha ihere n'ihi na imirikiti ndị ọgbọ ha akawaghị ihu otu ha si me.

Ichi na–ebutere ọtụtụ mmadụ gburu ya nsogbu anya. Anya so na otu ihe ka mkpa n'ahụ mmadụ. Ọ chọghị ihe siri ike. Ma lezie ka nwadiọka si ewere mma ya wee na–egbu mmadụ ichi n'elu anya. Ọ bụ nanị onye anya kpọrọ ma na onye anya ya zuru oke nọ n'ala eze nke ụwa a.

N'oge ọgba aghara, onye gburu ichi enweghị ike izo agbụrụ o si ezo. Dị ka oge ndị Igbo gbara ọsọ n'ugwu Awụsa, ọ raghị ndị Awụsa ahụ ịmata na onye ọ bụla gburu ichi bụ onye Igbo. Nke a kpatara na ọtụtụ ndị gburu ichi enweghị ohere soro ụmụnna ha zolata mgbe a gbara ọsọ ahụ.

## Kedụ ọnọdụ ichi ugbu a?

Ugbu a igbu ichi anakwaghị eme mmadụ ka ọ bụrụ dike. Ọ bụ ego na–ewelite mmadụ elu ugbu a. Onye nwere ego, nwere ike ịlụ ụdị nwanyị masịrị ya ma chikwaa ụdị ọzọ ọ chọrọ. Ndị a na–anụkarị aha ha n'obodo ọ bụla taa bụ ndị ji ego.

Igbu ichi anakwaghị aga n'ihu dị ka ọ dị na mgbe ochie

n'ihi na ndị mmadụ achọpụtala mmekpa ahụ dị iche iche ọ na–eweta. Ndị ụka anakwaghị ekwe ka ndị otu ha gbuo ichi ugbu a n'ihi na ha kwenyere na igbu ichi metụtara ịgwọ ọgwụ.

Ọ ga–adị mma ka a kwụsị igbu ichi kpam kpam. Ọ bụrụ na ọ dị oke mkpa na mmadụ ga–egburịrị ichi tupu o chie ọzọ, e nwere ike mee omenala dị n'igbu ichi ma hapụ ịkanye onye ahụ mma n'ihu. Igbu ichi so n'otu omenala nke ekwesịghị nkwalite maka na ndị Igbo tụrụ n'ilu sị na nkwụ gbaghara, azị añụghara ya.